Ẹkwo

# Jiobu

### *Ak*ọ ẹhu Jiobu

1 O nweru onye alị Uzu lanụ; teke o shi nọdu bẹ ẹpha
iya bụ Jiobu. Nwoke ọbu bụ nwoke, ụta adụdu lẹ ndzụ
iya bya abụru onye pfụberekoto. Ọ bụ onye atsụhuje
Chileke ebvu haa eme ẹjo-ememe. 2 Iphe, ọ nwụtaru bụ
unwoke ẹsaa waa ụnwanyi ẹto. 3 O nwekwarụpho ẹku.
Atụru iya dụ ụnu iri l'ẹsaa l'ụkporo iri. Ịnya-kamẹlu iya
dụ ụnu ẹsaa l'ụkporo iri. Eswi, a tụru njịgba ẹbo ẹbo dụ
ụnu njịgbabe eswi ugbo labọ l'ụkporo ise. Ne nkapfụ-
ịgara iya dụ ụnu l'ụkporo ise. Ndu bụ nemadzụ, ejeru
Jiobu ozi kwatakpọo dụ igwerigwe mebyikpọo. O bụepho
l'ọo ya bụ onye shi kakọta shii l'iphe, bụkpoo nemadzụ,
a nwụru anwụnwu l'ụzo ẹnyanwu-awawa l'ophu.

4 Ụnwu iya ndu ọphu bụ nwoke nọdu abọje ọbo-iphe
l'ibe phẹ. Onye ọwa-a -bọo ọgiya; ogiya ọzo onye ọzo
abọo; ẹphe -nọdu abọ ọbo-iphe ọbu; ẹphe ezia unwune
phẹ ndu ọphu bụ ụnwanyi phọ ẹphe n'ẹto; ẹphe abya lẹ
nri ono. 5 Ọ nọdu abụjeru; a -bọchaa iphe ono teke ẹphe
abọ iya; Jiobu ekua phẹ bya edoo phẹ nsọ. Nchita-abọhu
iya l'ọ bya egweeru Chileke ngwẹja-akpọ-ọku l'iswi ẹhu
phẹ l'ẹhu l'ẹhu. Kẹle ọorije sụ: “?A maru ?ụnwu iya te
emeadaru nụ iphe-ẹji? ?A maru ?ẹphe te egudeadanụ
obu phẹ kọo Chileke ọnu?” Ọ bụru nno bụ gẹ Jiobu shi
emeje iya tekenteke.

### *Nsetanu ah*ụ Jiobu ama

6 Obenu ujiku lanụ; ụnwu Chileke bya g'ẹphe goshi
onwophẹ l'iphu Chipfu. Nsetanu tsokwaru phẹ phọ bya.
7 Chipfu sụ Nsetanu: "?Bụ awe bẹ i shi bya?"

Nsetanu sụ Chipfu: "Mu ejenụpho ejeje alwa alwalwa l'eliphe. Mu tsonụrupho ọma mgboko aghaphe bọtorii."

8 Chipfu sụ Nsetanu: "?Ẹnya tsụru ngu l'ẹka onye-ozi mu, bụ Jiobu nọ? Mbụ l'ọ tọ dụedu nemadzụ, dụ g'ọo ya lẹ mgboko l'ophu. Ọ bụ nwoke, pfụberekoto bya abụru onye ụta adụdu lẹ ndzụ iya; bụru onye atsụhuje Chileke ebvu; haa eme ẹjo-ememe."

9 Tọbudu iya bụ; Nsetanu bya eyeeru Chileke ọnu sụ
iya: "?Iipfu tọo? ?Jiobu nọnyaerupho tsụahaa gụbe
Chileke ebvu? 10 ?Tọbudu ngu kpọru ọkpokuu kpọ-
phee yẹle ndibe iya mgburugburu; mẹkpoo iphemiphe, o
nweru? Iphemiphe, oome l'ẹka bẹ i meru; ọ bụru ụpete;
k'ọphu bụ l'ẹku iya tụkoru ẹkameka. 11 Machịnaa ẹka
nta-a denyi l'iphemiphe, o nweru enweru g'ịihuma l'ọo-
pfụru l'atatiphu ngu kọo ngu ọnu."

12 Tọbudu iya bụ; Chipfu sụnu Nsetanu: "Ọ dụ ree; iphemiphe, o nweru dụwaa ngu l'ẹka; ọo ẹpho gẹ mkpụshi-ẹka ngu te erwu iya l'ẹhu."

Nsetanu kwoẹpho gburumu; ọ bụeru iya phọ eshi l'iphu Chipfu l'ẹka ono tụgbua.

13 Tọbudu iya bụ; o be ujiku lanụ; ụnwu Jiobu ndu
kẹ nwoke mẹ ndu kẹ nwanyị dzukọbe l'ụlo ọkpara nna
phẹ kẹ nwoke abọ iphe; eri nri; angụ mẹe. 14 Onye-ozi
bụerupho phẹreketeke l'iphu Jiobu bya asụ iya: "Oke-
eswi, eegudeje eje ozi ẹgu bẹ e gudegbaa eje ozi ẹgu;
nkapfụ-ịgara dọkwarupho l'agụga ẹka ono ata nri. 15 Ndu
Sheba fụaru phẹ; bya atụko phẹ rwuta; bya egbushia ndu
ejeru ngu ozi. Ọ bụru mbẹdua kpoloko bụ onye gbalarụ
nụ sụ gẹ mu bya epfuaru ngu g'ọoda."

16 Onye k'ono kpụkwaduru-a opfu l'ọnu epfu; onye ọzo
kwobata bya asụ: "Ọku, shi l'ẹka Chileke bẹ shiẹpho
l'igwe daa bya atụko atụru ngu l'ophu kee; kechaa kee
ndu-ozi ngu kefu; ọ bụru mbẹdua kpoloko bụ onye
gbalarụ nụ sụ gẹ mu bya epfuaru ngu g'ọoda."
17 Onye k'ono kpụkwaduru-a opfu l'ọnu epfu; onye ọzo
kwobata bya asụ: "Ndu ọ-lwụa-ọlaa, shi lẹ Bábilọnu
buru ọgbo ẹto tụa lẹ mkpa lẹ mkpa bya awụpyabe ịnya-
kamẹlu ngu g'ọ ha rwuta; bya egude ogu-echi gbugbushia
ndu ejeru ngu ozi. Ọ bụru mbẹdua kpoloko bụ onye
gbalarụ nụ sụ gẹ mu bya epfuaru ngu g'ọoda."
18 Onye k'ono kpụkwaduru-a opfu l'ọnu epfu; onye
ọzo kwobata bya asụ: "Ụnwu ngu unwoke mẹ ụnwu
ngu ụnwanyi dọkwaru abọ iphe; eri nri angụ mẹe l'ibe
nwune phẹ nwoke k'ọgerenya. 19 A bya ele ẹnya; oke
phẹrephere shiẹpho l'echiẹgu ziru taphutaphu rwua bya
enwungaa ụlo ono l'ophu; ụlo zee zepyabẹ ụnwu ngu ono
g'ẹphe ha; ẹphe nwụshihu; ọ bụru mbẹdua kpoloko bụ
onye gbalarụ nụ sụ gẹ mu bya epfuaru ngu g'ọoda."
20 Tọbudu iya bụ; Jiobu bya agbalihu bya eworu uwe
yẹbedua, bụ Jiobu zijaa; bya eworu ishi kpụshia; bya
eworu onwiya tụa gbii l'alị baarụ Chileke ẹja; 21 sụ:
"Ọo ọto bẹ mu gba teke mu
shi l'ẹpho ne mu daa l'alị.
Ọ bụkwarupho ọto bẹ mu
a-gbaru laa.
Ọo Chipfu nụru; ọ bụru
Chipfu wotaru iphe,
ọ nụru.
G'e tukwaa Chipfu ẹpha."
22 Iphemiphe-a mekọtaru Jiobu; ọphu o mekwarụ
Chileke iphe-ẹji; ọphu ọ sụkwaru lẹ Chileke meru iphe,
erwubeduru iya nụ.

# 2

*Nsetanu ahụ* Jiobu ama k'ugbo ẹbo

1 Noo ya; o bekwa mbọku ọzo; ụnwu Chileke byakwa
g'ẹphe goshi onwophẹ l'iphu Chipfu. Nsetanu tsokwaru
phẹ phọ bya egoshi onwiya. 2 Chipfu sụ Nsetanu: "?Bụ
awe bẹ i shi bya?"

Nsetanu sụ Chipfu: "Mu ejenụpho ejeje; alwa alwalwaa
l'eliphe. Mu tsonụrupho ọma mgboko aghaphe bọtorii."

3 Tọbudu iya bụ; Chipfu sụ Nsetanu: "?Ẹnya tsụru
ngu l'ẹka onye-ozi mu, bụ Jiobu nọ? Mbụ l'ọ tọ dụedu
nemadzụ, dụ g'ọo ya lẹ mgboko l'ophu. Ọ bụ nwoke,
obu gụru ìphóró; bya abụru onye ụta adụdu lẹ ndzụ iya;
bụru onye atsụhuje Chileke ebvu haa eme ẹjo-ememe. Ị
kpatachakpọoru; mu mekpaa ya ẹhu; mebyishia ya l'ẹbe
ọ dụ iphe, o meru. O gudeshiẹle-a onwiya g'o gudeshi
onwiya."

4 Nsetanu sụ Chileke: "Hanaa g'a rwụnaa ya ẹka
l'akpụru-ẹnya-oji! ?Tị madụ lẹ nemadzụ a-mịkota
ẹnya l'iphemiphe, o nweru enweru g'ọ bụru lẹ ya anọdu
ndzụ? 5 Mbụ lẹ-a; machịnaa ẹka rwụa ya l'ọkpu yẹle
anụ-ẹhu g'ịi-hụma l'ọo-pfụru l'atatiphu ngu l'ẹka ono
kọo ngu ọnu."

6 Chipfu sụnu Nsetanu: "Ngwanụ; ọ nọ ngu l'ẹka. Ọle
ọ bụ; dobekwa iya ndzụ!"

7 Tọbudu iya bụ; Nsetanu shiẹpho l'iphu Chileke l'ẹka
ono; ọ bụru iya atụgbu bya eje ewoẹrupho ẹjo ẹkpa-ebyi
chìá Jiobu l'ẹhu. O shiẹpho l'ọkpa zakọtae ya phọ barịi
l'ẹhu jasụ l'ishi. 8 Jiobu gbẹshiepho je agwọo l'ikpọzu. Ọ
bụru agbagba mbeji bẹ oogudeje gude akọ onwiya ọko.

9 Ọ bụru iya bụ l'ọ nọnyaepho; nyee ya sụ iya: "?I
gudeshikpọepho onwongu g'i gude iya? ?Tịi kọdu Chileke
ọnu nwụhu?"

10 Ọ sụ iya: “Opfu ngu gbẹ adakwa g'ị bụ onye lanụ
l'ime ụnwanyi, amadụ iphe. ?Bụepho iphe-ọma bẹ anyi
a-nọdu anata l'ẹka Chileke? ?Anyi taa kabẹkpoedu nata
ẹjo iya?”
Iphemiphe ono mekọtakpoo Jiobu; ọphu ọ saduru ọnu
pfuswee Chileke.

### *Ndu ọ̀nyà Jiobu*

11 O be teke ndu ẹphe lẹ Jiobu eshi ọ̀nyà; ụmadzu
ẹto; nụmaru ẹjo-iphe, anwụgbaaru iya nụ; ẹphe shigbaa
l'ẹkameka, ẹphe shi byatashịa ya agbaru mkpu; k'ọphu
ẹphe a-dụ iya obu. Ndu byaru nụ bụ Elifazu, onye
Temanu; waa Bilidadu, bụ onye Shuwa; wafụkwapho
Zofa, bụ onye Nama. Ẹphe n'ẹto ono tụgbaberu ọnu
eswe ujiku lanụ bya g'ẹphe gbaaru Jiobu mkpu dụa ya
obu. 12 Ẹphe byarwuta bya agbẹ ụzenya hụma iya; ọphu
ẹphe ahụbeeduru iya ama. Ẹphe tụko kwata tụ ụzu-
ẹkwa kẹ wọo; bya eyegbaa ẹka l'uwe phẹ lajashịa; bya
ekpotagbaa urwuku ekpugbaa onwophẹ l'ishi. 13 Ẹphe
gwọdoshihu l'alị l'ẹka ono; ẹphe l'iya gwọkoru nno nọo
abalị ẹsaa; eswe l'ẹnyashi. Ọ kpọo phẹ opfu; ọphu ọ
dụdu onye ọphu dụru ike saa ọnu pfuru opfu yeru Jiobu.
Noo kẹle ẹphe hụmaru l'iphe-ẹhuka, ooje kwata shihu
ike mebyi eshihu.

## 3

### *Opfu, shi Jiobu l'*ọnu

1 Tọbudu iya bụ; e mechaẹpho; Jiobu saa ọnu wata
epfu opfu; bya awata ephu eswe, a nwụru iya iphu. 2 O
pfushiahaa sụ:
3 “G'eswe, a nwụru mu
bụkwaru ọla-l'iswi!
G'ẹnyashi, a tsụru ime mu

bụkwarupho ẹnyashi,
larụ l'iswi!
4 Gẹ mbọku ono gbahụkwa
ọchii!
Gẹ Chileke ọphu bu l'eli ta
agụbehekwa iya iphe;
ọphu ọ dụkwa iphe,
dụ g'ìphóró, adụkwadu
mbọku ono!
5 G'ọchii yẹe tsụkiribaa
tsụnyikwaa eswe ono
ẹnya!
G'urwukpu sọpyabekwa iya!
G'eswe mbọku ono
gbahụkotakwa tsụrikitiki!
6 Mbụ-a; g'ẹjo dadishi tụkwa
ẹnyashi mbọku ono
gburumu swịswia!
G'a ta gụhekwaru iya ye
l'eswe, nwụru l'apha!
Ọphu a gụkwaru iya ye
l'eswe lanụ l'ọnwa!
7 Mu sụru-a; g'ẹnyashi
mbọku ono bụkwaru
mbọku, gba ẹka nwa!
G'ọ tọ dụkwa olu ẹmereme,
aa-nụma iya l'ime!
8 Gẹ ndu atụje mbọku ọnu
tụkwaa mbọku ono ọnu;
mbụ ndu kwakọberu
akwakọbe emete
ẹjo-oke-agiyi.
9 Gẹ kpokpode nchi-abọhu

iya gbahụkwa ọchii.
G'o lekwaa ẹnya l'ìphóró
abya adụdu;
e -mechaa l'ọ bụru kẹ
mmanụ; ọphu ọ
hụmakwa gẹregere ụtsu
ẹnya ahụma ophu.
10 Noo kẹle o to mechiduru
ẹpho ne mu
g'a ta nwụ mu mbọku ono;
k'ọphu aphụ ọwa ata
atsọduru mu.
11 Mbụ-a; ?bụnaa gụnu meru
g'o gude ọphu ọ bụdu teke
aanwụ mu;
mbụ l'ọo teke ono,
mu shi l'ẹpho afụta ono
bẹ mu gege atụ-buhu
unme nwụhu?
12 ?Bụnaa gụnu meru g'o gude
ụtapfu hee mu hefuta?
Mbụ; ?dẹnuanu g'o gude ẹra dụ
k'ọphu mu ngụru iya
angụngu ophu?
13 Kẹle nta-a bẹ mu gege
azẹkpooro nwadoo.
Mu gege anọro gẹ mu zẹ lẹ
mgbẹnya.
Ọo ya bụ mẹ mu anọduro
pyakọo onwomu
nwa nggujingguji;
14 mu lẹ ndu eze mẹ ndu
mgbazi ụnwu-eliphe;

ndu kwashịru unuphu
doberu onwophẹ
l'eliphe-a;
ọle nta-a bẹ ọ bụkotawa
ochobu.
15 Mu lẹ ndu-ishi, bụ ndu shi
nweru mkpọla-ododo;
ndu shi doo
mkpọla-ọchaa dojia ụlo
phẹ godogodo.
16 Ọzokwanu lẹ-a; ?bụnaa gụnu
kparụ iphe,
mu adụdu gẹ nwa,
a byaru anwụ;
ọ nwụhuwaa ne iya l'ẹpho;
e woru iya je elia; mbụ
gẹ nwaswa, asakpọdarunu
ẹnya asasa ophu.
17 Ẹka ono bẹ ndu ẹjo-iphe
a-babuhu hanyịhanyi.
Ndu ike bvụru a-nọdu iya
tụtaahaa unme.
18 Alị-maa ono bẹ ndu mkpọro
yịchaa lẹ ndu nọ iya atụta
unme.
Ẹphe ta anụhedu olu ndu
anọduje achị phẹ g'ohu.
19 Ndu ha nwanshịi nọ l'ẹka
ono;
ndu ha shii nọdu iya.
Ọphu ndu shi bụru ohu anọedu
l'ẹka nnajịuphu phẹ.
20 ?Dẹnu g'o gude ìphóró nọdu
adụjeru ndu ejegbu onwophẹ

l'iphe-ẹhuka.
A nọdu ahajẹkwadu ndu aphụ
tsọru g'ẹphe dzụkwaduru
ndzụ;
21 mbụ ndu anwụhu agụ ẹgu;
ọphu o kwedu phẹ egbugbu;
ndu anọduje achọ iya gẹ
ndu achọ ẹku,
ere ire, e domiru edomi.
22 Ndu eteje ẹswa ntụmatu;
mbụ kwata mee ẹmereme
m'ẹphe bahụ l'ime ilu.
23 ?Dẹnuanu g'o gude ìphóró
nọdu adụjekwarupho onye
e domiru ụzo iya edomi;
tẹme Chileke gude
ọkpokuu kpọ-phee ya
mgburugburu; ọ kwaa
l'ime iya?
24 Noo kẹle ọ bụwaa atsụ ude
bụ nri,
epyoje mu ọnu.
Mgbede, mu ata dụepho
g'ẹka mini asọ gborogboro.
25 Iphe, mu atsụshi ebvu ike
bụepho iphe,
mechaarụ byaru mu nụ.
Ọ bụru iphe ono, mu anmarụ
pyaapyaapyaa mechaarụ
mee l'ẹhu mu.
26 Ẹhu ta adụjeduru mu guu;
ọphu mu atụtajeduru unme;
ọphu ẹhu ebvujeduru mu

ebvuru.
Ọo ẹpho iphe-ẹhuka bẹ mu
l'iya anọduje eme.”

# 4

Ọnu, Elifazu yeru
1 Tọbudu iya bụ; Elifazu onye
Temanu bya eyee ọnu sụ:
2 Nemadzụ -sụkwanu gẹ ya
yee nwọnu nwilile;
?tọo kpatsudu ngu nụ iwe?
Ọlobu ?bụ g'iphe adụje baa
nemadzụ edobe ọnu doo?
3 Leanarọya; gụbe onye ziwaru
ikpoto nemadzụ iphe.
Ndu dahụwaru adzụlakpa bẹ
i meru;
ẹphe gbakerehu.
4 Onye ada adada bẹ i pfuru
opfu yeru;
opfu ngu kwolia ya.
Mbụ l'ikpere ngwọkinaki bẹ
i meru;
ọ pfụru kẹkereke.
5 Nta-a bẹ iphe-ẹhuka
byapfutaru gụbedua
l'ishi onwongu.
Aphụ ji ngu obu ẹgube
ọwa-a;
mbụ l'ọ tụru ngu gbaa
l'ẹhu; meji tọfu ngu.
6 Eshinu ị bụ onye atsụ Chileke
ebvu; dakobenụ iya!
L'ị chịru ẹnya yeru abụbu,

ị bụ onye ụta adụdu lẹ
ndzụ iya.
7 Rịnaa ya arịri; ?bụ onye bẹ
ị makpọoru,
bụ onye iswi dụ mma,
lajẹru l'iyi?
?Bụ awe bẹ ị hụmajeru l'onye
pfụberekoto
chịhuru lẹ mgboko?
8 Ọ chikwaa iphe, mu ahụmaje
bụ lẹ ndu woru ẹjo-ememe
akọ g'onye akọ opfu;
bya eworu iphe-ẹhuka anma
iya bụkwapho
iphe ono bẹ ẹphe akpatajẹ
iya.
9 Chileke -zikwadaa unme fuu;
ẹphe ephukashịhu.
Teke ẹhu eghu iya swọlihuru;
ẹphe abụru ọla-l'iswi.
10 Oduma asụjekwa ekiri;
baa hanyịhanyi; byaa ẹnari;
obenu l'oduma,
dafụru ibogolo
bẹ eekwoshijeẹle-a eze.
11 Oduma, ahụmaduru iphe,
oo-ri alajẹ l'iswi;
ụnwu oduma agbaa
nanụ nanụ.
12 "Mbụ-a; o nwekwarụ iphe,
e pfujeru mu lẹ mpya.
Ọ bụru-a nwiphiphe bẹ mu
nụmabutaru iya.

13 Mu nọdu arwọ ẹjo nrwọ
l'ẹnyashi;
lẹ teke ono, ndiphe
adajẹwa ọdamgbenya
ono.
14 Ndzụ gụahaa mu;
ẹhu nmaahaa mu
pyaapyaapyaa;
k'ọphu ọkpu,
nọ mu l'ẹhu nmakọtaru
yilayila.
15 A nọnyaepho; nwamaa bya
eshiẹ mu phọ
l'atatiphu ghata.
Ẹdzu swịe mu phọ l'ẹhu;
ishi nyịa mu kẹ kpalaa.
16 Maa ono bya apfụerupho
kẹkereke;
ọphu mu adụkwanu ike
akọ g'ọ gbaru.
Ọ bụepho l'o nweru iphe,
pfụru mu l'iphu.
Ẹkameka dakọtaepho
nyọnyoronyo.
A nọnyaa; mu nụma olu-opfu
onye sụru mu:
17 ?O nweru g'ọo-dụnaa
nemadzụ mmanụ
abya aka Chileke
apfụbekoto?
?O nwenụru-a g'ọo-dụ
nemadzụ abya aka
onye meru iya nụ adụebe
ree?

18 Eshinu Chileke te egudedu
ire ndu ejeru iya ozi ẹka;
tẹme ọ nọdu abajẹru
ụnwu-ojozi-imigwe iya
mba l'iphe, ẹphe mesweru;
19 ?bụchia nemadzụ bẹ ọo-ha;
mbụ nemadzụ ono,
bu l'ụlo ẹpuchi,
a tụru ọkpa iya l'alị;
ndu azọ-gbu phẹ
ka nphe eme l'azọ-gbu
mbeberibe!
20 A -bya eshi l'ụtsu nọo jasụ gẹ
nchi jihu bẹ e gwewaru
phẹ uji.
Ẹphe alaa l'iyi jeye lẹ
tuutuutuu lẹ mịimiimii;
ọ tọ dụdu onye ẹnya erwu
l'ẹka ono.
21 Ọ -bụru l'a gbabufuru eri,
gude ndzụ phẹ;
?ẹphe ta anwụhudu l'ẹbe
enwe egomunggo?”

# 5

1 Kunaa oku nta-a maru mẹ
?o nweru onye a-za ngu
ẹnu.
?Dẹnu ụnwu imigwe ono
ọphu ịi-gharu iphu
g'ọ gbaaru ngu mkpu?
2 Ọvuma egbujekwa onye-eswe;
tẹme ijiẹnya nọdu aphụje
onye amazidu iphe

tẹrii.
3 Mu hụmajeakwaru ẹka
onye-eswe agba ọgbarabvu;
ọphu ọ dụdu g'ọ nọ-beru;
atuphuwa iya l'ọnu.
4 Ụnwu iya kwatakpọo awa
awawa;
mbụ l'eegweje phẹ
arakabya l'ẹka ekpe
ikpe.
O to nwedu onye agbaru phẹ
ọdzori.
5 Ọ bụru ndu ẹgu agụ erifuje
iphe, ọ kpatarụ l'ẹgu
iya;
mbụ l'ẹphe ewotajẹchaa
wota ọphu
nọ l'ẹka o pheduru ẹswa.
Ndu ẹhu achị ọku nọdu
alwụje iya alwụlwu.
6 Kẹle mkpawere te eshijedu
l'urwuku futa;
ọphu iphe-ẹhuka efutajẹdu
l'alị.
7 Ọle ọ bụ; nemadzụ bẹ a
nwụkwaru ye
l'eje iphe-ẹhuka ẹgube-a,
ẹkoroku bụ: ọ -gbaa l'o
phelihu-a.
8 Mbụ l'ọme ọo mu;
mẹ mu edooru iya Chileke;
mbụ mẹ mu ewoẹrupho g'ọ
daru mu shi
ishi lanụ dokọtaru iya.

9 Lẹ Chileke emeje iphe,
dụgbaa biribiri,
bụgbaa akpavu l'ishi;
mbụ l'oomeje iphe,
dụ ebvu igwerigwe kpọ.
10 Eliphe bẹ oodzejeru mini.
Ọ nọdu asọjeru mini sọba
l'ẹgu.
11 Ookulije ndu lwarụ alị imeli
imeli;
tẹme ọ nọdu ekulije ndu
agụ aphụ
dobe l'ẹka adụdu iphe,
byaru eme phẹ nụ.
12 Ndu ẹregede bẹ oomeje;
o too jehuduru phẹ g'ẹphe
tụberu;
k'ọphu bụ l'ẹka phẹ ta
adụdu iphe,
ẹphe emefuje ọ̀nyà.
13 Ndu maru iphe bẹ oogudeje
ẹregede,
ẹphe agba nmata.
Tẹmanu mmamiphe ndu
ntuphu-ire
bẹ oomeje l'ọ daa ịdaphu.
14 Nchi ejipfuje phẹ l'echilabọ
eswe.
Ẹphe eje dadishi l'echi
gbadagbada eswe
g'onye eje l'echi abalị.
15 Ndu adụdu g'ọ dụ phẹ
bẹ ọodzotaje l'ẹjo ọnu phẹ.

Ọ nọdu adzọtaje phẹ l'ẹka
ndu dụ ike;
16 k'ọphu bụ lẹ ndu ụkpa bẹ
ele ẹnya g'adzọo phẹ.
O mee iphe, apfụduru-ọto
mee ọnu sụtukumu.
17 Ẹhu-ụtso bẹ a gọru nụ onye
Chileke abajẹru mba;
k'ọphu bụ:
Ọkalibe-kangokọtaru-nụ
-nọdu alọ ngu ẹka lẹ nchị;
ta anmakwa iya
phulaphula;
18 kẹle ọolojeru ọ́nyá tụ
nemadzụ l'ẹhu;
l'ọ bya epfube iya iphe
l'ọ́nyá ọbu.
Ọ nọdu emekajẹ nemadzụ
iphe;
e -mechaa l'o mee ya l'ọ
kpọhu.
19 Iphe-ẹhuka a-byaru ngu akpọ
ishii;
l'ọ dzọchaa ngu;
mẹkpoo akpọ ẹsaa;
ọle o too kwedu g'ọ dụru
iphe, oo-me ngu.
20 Lẹ teke akpa-nri; bụ iya
a-gbarụ ngu mkpu
g'ị tị kpagbu onwongu
lẹ nri.
Teke aalwụ ọgu l'o mee g'e te
egbu ngu mma.

21 E -pfuaru ngu ẹjo opfu;
o too kwedu g'o rwua ngu l'ẹhu;
ọphu ịitsudu ebvu mẹ ọla-l'iswi rwua.
22 Ọo ọchi bẹ ịi-nọduje achị ọla-l'iswi yẹe ọkpa-nri;
ọphu ị tsụdu anụ-ẹgbudu k'eliphe-a ebvu;
23 kẹle gụ lẹ mkpuma, nọ l'ẹgu a-gbachaa ndzụ.
Unu l'anụ, bu l'ẹgbudu a-dụchaa lẹ ree.
24 Ibe ngu bẹ ịi-makpọru l'ọ tọ dụdu iphe,
e-me iya nụ.
L'ị bya agụa iphe, bụkpoo iphe,
i nweru enweru ọgu;
hụma l'ọ tọ dụdu ọphu etuphahụ etuphahụ.
25 L'ị maru l'ụnwu ngu a-dụ igwerigwe.
Awa ngu a-kpofushi g'ẹswa, furu l'alị.
26 L'ị kakpọo nka kaghee ya akaghe
tẹme l'ị bahụje l'ilu.
L'ị dụ g'ereshi, e gburu l'ògè iya.
27 Anyi nyokpọwaru iphe-a enyonyo hụma
l'ọ bụ ire-lanụ.
Mbụ-a; nụmakwa iya woru

iya ye lẹ ndzụ ngu!

# 6

Ọnu, Jiobu yeru
1 Tọbudu iya bụ; Jiobu yee
ọnu sụ:
2 Ọ dụ mu g'a sụ g'e wota
mgburwashị ẹhu mu
tụ̀a atụ̀tù g'a hụma
g'ọonyi-be ẹrwa.
Mbụ g'a tụko iphe-ẹhuka mu
chịru ye l'iphe,
aatụ̀je ẹrwa iphe.
3 Ọ tọ dụdu g'e meru g'ọ tọ ka
ẹja, nọ l'eze-ẹnyimu
anyị ẹrwa.
Ọ bụru iya kparụ iphe,
opfu mu adanụka
kpaakpaa.
4 Kẹle apfụ,
Ọkalibe-kangokọtaru-nụ
gbakashịru mu gugbaaru
mu eguru l'ẹhu.
Ụphu, ọophu mu nọdu alọ
mu ẹka lẹ meji;
mbụ lẹ Chileke eyeẹ mu
phọ ebvu mkpẹe-lanụ.
5 Nkapfụ-ịgara-ọswa ?ọoraje
ọ́rà mẹ ọ -nọdu ata
ẹswa?
Tọo eswi ?oogbuje ọ́rà mẹ nri,
oori dụkwadu?
6 ?Eerije nri, enwedu ụtso l'ẹbe

e ye iya únú?
Tọo ?ọ dụru ụtso, dụ l'ẹka
ono, achajẹ ụcha
l'ẹkwa-ọku,
e shiru eshishi ono?
7 Mu te ekwejedu iya edenyi
ẹka;
kẹle ẹgube nri ono abyajẹ
mu ẹgbo l'ọnu.
8 O gogo dụkwaru mu ree;
ọme ee-meru mu iphe,
mu epfu g'e meeru mu;
mbụ lẹ Chileke gege
akabẹnu nụ mu iphe,
mu ele ẹnya iya;
9 mbụ lẹ Chileke gege
atụkpoepho obu iya
onyo gwee mu uji;
g'ọ tụhakpoepho ẹka tụa
mu l'ẹhu kẹ paa;
mee gẹ mu chịhu lẹ mgboko.
10 Ọo ya bụ mẹ ọ bụkwanuru
iphe,
gege anọdu adụ mu obu;
mee g'ẹhu tsọkpoo mu
nụ l'iphe-a,
l'atakpọshi mu
g'ọotakposhi mu-a;
noo kẹle mu ta ahajẹduru
eme olu onye ono,
dụ nsọ ono.
11 ?Bụ ike gụnu bẹ mu
nwekwadụru

k'anọdu elekwadu ẹnya
iphe?
?Mu maru iphe, kpọ-chiru
ndzụ mu ishi ọphu mu
e-pfukwadu k'ata nshi?
12 Ọkpehu nkemu ?ọ bụ
ọkpehu
agbara-mkpuma?
Tọo anụ-ẹhu nkemu ?ọ bụ
akpọ-igwe?
13 ?Mu nwekwadụru ụvo,
mu e-gude yeru onwomu
ẹka
nta-a, a natawaru mu ike,
mu shi nweru-a?
14 Onye meji atọfu atọfu
gbakpọru g'ọ̀nyà iya
phẹ
anọdu aphụru iya
obu-imemini;
m'o betakpọ ọphu ọ
tsụhedu
Ọkalibe-kangokọtaru-nụ
ebvu.
15 Obenu l'unwune nkemu bẹ e
te gudedu ẹka.
Ẹphe dụ g'oke nggele, mini
tahụru l'ọnanwu;
ọle o -be l'udzumini;
ọ byaa utso tụko ẹkameka
sweta;
16 mẹ mini, dọru iya nụ,
shi hụkoo ahụko
dazeshihuẹpho;

ọ bụru iphe, swetaru iya
nụ bụ aka-mini-sunoo.
17 Ọle ọnanwu -chaẹpho l'ọ
tụko bụru sụtukumu.
Mbụ okpomọku
-kpoahaẹpho;
ọ tọ dụedu ọphu
a-dụkwadu l'ọgba iya.
18 Ndu ije aparu ụzo phẹ haa
lashịa l'okorobo-ẹgu
je anọdu l'ẹka ono bụru
ọla-l'iswi.
19 Ndu ije ọphu shi lẹ Tema
chọru mini ono
achọcho.
Ndu ije ọphu shi lẹ Sheba
lee ẹnya iya;
ọ bụru k'iphoro.
20 Iphere gudewaru phẹ;
kẹle ẹka ẹphe shi kpọru
obu yeru bẹ ẹphe
rwuru;
ọphu ọ dụdu g'ẹphe rịru.
21 Unubẹdua l'onwunu bya
egoshikwaphọ
l'o tọ dụdu urwu, unu aba.
Unu hụmaru iphe, eye ebvu;
unu tsụahaa ebvu.
22 ?Mu sụjekpooru g'e meeru
mu iphe-ọma?
Tọo ?o nweru onye mu sụjeru
g'o gude iphe,
o nweru je anụru mu
ụphalazu?

23 G'unu bya adzọta mu l'ẹka
ndu ọhogu mu;
ọzoo g'unu bya agbafụta
mu l'ẹka ndu ewebushi
akụrepho.
24 Zinaa mu iphe;
gẹ mu e-dobe ọnu doo!
Goshinu mu ẹka mu jeberu;
ụzo kpọ-swehu!
25 Lewarọ g'ire-lanụ emebeje
ẹhuka l'ẹhu!
Obenu lẹ-a; iphe-a,
unu epfu-a;
?o goshikpọru gụnu?
26 ?Bụ mba bẹ unu byaru mu
abarụ?
Mbụ-a; ?unu eme g'unu sụ
l'opfu onye ono,
ejegbu onwiya l'iphe-ẹhuka
ono bụ opfu,
larụ lẹ phẹrephere?
27 Ono dụ-a g'onye atụru
nwogbee,
enwedu nna ido;
bya abụru ere onye unu
l'iya eshi ọnyà erere.
28 Ọle g'ọ dụ nta-a bụkwa lẹ-a;
aswarụ, unu a-swarụ mu
bụkwa g'unu
lekpọda mu nụ ọphu bụ
ẹnya;
kẹle-a; ?mu a-kabẹhunu
nọdu unu l'iphu
dzụa ụka?

29 Jikonu; unu tụnaa mgbeleke
nwanshịi;
hanaa eme iphe,
apfụduru-ọto!
Unu rị-phunu ọriri azụ;
kẹle apfụbekoto mu
dụekwapho g'ọ dụ.
30 ?O nweru iphe, apfụduru-ọto,
mu pfuru nta-a?
Tọo ?mu ta akabẹedu maru
teke mu pfuru ẹjo opfu?

# 7

1 Nemadzụ ?tọ bụdu iphe,
ọ byadoru eliphe,
bụ ese akanya;
mbụ lẹ ndzụ, ọ nọ dụepho
gẹ ndzụ
onye e butaru g'o jee ozi.
2 Ọ dụ g'ohu, eje ozi, bụ iphe,
ọonoduje ele ẹnya iya bụ
gẹ nchi e-me jihu;
dụkwapho g'onye e butaru
ozi, bụ iphe,
ọonoduje ele ẹnya iya bụ
ụgwo, aa-pfụ iya.
3 Ọo ẹgube ono bẹ e meru
ọnwa l'ọnwa nọdu
abụkotajeru mu kẹ mmanụ.
Iphe, bụkpoo ẹnyashi nọdu
abụkotajeru mu
mgburwashị-ẹhu.
4 Mu -zẹe azẹe; mu echiru

l'ọriri sụ:
?Mu e-kukpọo mgbẹnya
ọwa-a jasụ teke ole?
Ẹnyashi nọdu anọduje akpụ
onwiya gọlogolo.
Mu nọdu echijeẹpho
gburugburu jasụ nchi
abọhu.
5 Inyi tụko mu ẹhu sweta;
ẹ̀kà nọdu atụ mu rikarika
l'ẹhu;
mbụ l'ẹhu mu l'ophu
kejashịhucharu
ekejashịhu;
ọ́nyá, nọ iya nụ nọdu atụ
rikarika.
6 Eswe ndzụ mu nọdu agba
warawara gẹ ngga,
e gude ekwe ẹkwa;
mbụ lẹ ndzụ mu eje
mgbabirishi l'ẹbe adụ iphe,
mu levuru ẹnya iya.
7 Jiko Chileke; nyatakwa lẹ
ndzụ mu ta adụdu
iphe ọzo,
ọ bụ gbahaa udzu-ọnu.
Ẹhu ta atsọbaedu mu ụtso lẹ
ndzụ mu ọwa-a ọzo.
8 Onye hụmaru mu nta-a
e-mechaa;
ọ tọo hụmabaedu mu ọzo;
mbụ l'ii-mechaa chọo mu
achọcho;
ọle ị tịi hụmabaedu mu.

9 Ọo g'igwe erwuje erwurwu
gbaka-a;
ọ tọo lwabaẹdu azụ-a
bụ g'onye e kpochiru l'ilu
ta alwajẹedu azụ ọzo;
10 mbụ l'onye ono ta
alwajẹbaedu azụ l'ụlo
iya ọzo;
ọphu unuphu ibe iya
ahụmajeedu iya
ẹnya ọzo.
11 "Noo g'o gude ọphu mu
edobedu ọnu doo.
Mu a-nọdu ata kpọokpookpo
gẹ mu ata-a.
Mu epfunu iya phọ gẹ mu
epfu iya-a.
Mu a-tụkonupho g'ooghube
obu mu gụ-gbua l'aphụ.
12 ?Mu bụ eze-ẹnyimu;
tọo ?mu bụ ẹjo-oke-agiyi;
k'ọphu unu yeru ndu nche;
a nọdu eche mu nche?
13 Mu gbẹ arị l'iphe-azẹe,
mu zẹ azẹe e-me g'ẹhu dụ
mu guu;
mbụ l'ẹtemu-anamu mu
e-me gẹ nggụmaphu
lwa mu alị.
14 Obenu l'i gudelẹ-a ẹjo nrwọ
eme gẹ ndzụ gụ mu;
bya egude ọphulenya eye
mu ebvu;
15 k'ọphu bụ l'aswị-gbu

onwonye byaru aka
mu ree.
Anwụhu ka mu ree eme l'ụdu
ndzụ ọwa-a, mu dzụ
nta-a.
16 Mu ta agụbeeduru ndzụ mu
iphe;
mbụ l'ọ tọ dụkpoedu mu
g'a sụ
lẹ mu nọ ndzụ anọno ophu jasụ
lẹ tuutuutuu lẹ mịimiimii.
Pakpọeru mu phọ haa;
lẹ ndzụ,
mu nọ nta-a bụwaa
iphe-mmanụ!
17 ?Nemadzụ bụ gụnu kẹ g'i
meje iya g'ọ ha shii?
?Kẹ g'ịikpojeru obu yeru iya?
18 ?Kẹ g'i lerweje iya ẹnya
elerwe
l'ụtsu mbọku-mbọku;
ahụ iya ama tekenteke?
19 ?Tịi-kabẹkpoda wofu mu
ẹnya;
ọzoo g'ị hakpọo mu nụ gẹ
mu nọo
nwẹkinyi mu nwanshịi
nwanshịi?
20 Ọ -bụru lẹ mu meru Chileke
iphe-ẹji;
?mu meru gụbedua gụnu?
mbụ gụbe onye eche
nemadzụ nche.
?Dẹnu g'o gude ọ bụru l'ẹhu

mu bẹ ẹnya ngu dụ?
?Mu anyịwa ngu ẹrwa tọo?
21 ?Dẹnukpoo g'o gude ọphu ị
kabẹkpodaa gụaru
mu nvụ l'ẹka mu
meswekpọoru;
mbụ pawarụnu haa
l'ẹjo-iphe ọbu, mu eme ọbu;
kẹle ọ tọ dụkwa
g'ọo-nọ-beru l'e kpochia
mu ẹja.
L'ị chọo mu nta chọo imo;
ị tịi hụmaedu mu.”

# 8

Ọnu kẹ Bilidadu
1 Tọbudu iya bụ; Bilidadu,
bụ onye Shuwa bya eyeeru
iya ọnu sụ iya:
2 ?Ii-pfukpọo ụdu opfu ono
pfuberu teke ole?
Opfu ngu dụkwa gẹ
phẹrephere,
ezi taphutaphu.
3 ?Chileke ekpeje ikpe
l'ẹregede tọo?
Ọkalibe-kangọkotaru-nụ
?ọogbanweje iphe,
pfụru nhamụnha?
4 Ọ kwa iphe-ẹji, ụnwu ngu
meru iya
bẹ o buru phẹ nggo iya.
5 Obenu teke ọ bụ l'ị gbapfuru

Chileke; mbụ wata arwọ
Ọkalibe-kangokọtaru-nụ
arwọrwo;
6 ọ -bụru l'ị dụebe ree bya
abụru onye ire-lanụ
bẹ ọ tọ dụdu m'obeta ọ
bụru nta-a ọphu
ọo-rịkota onwiya gbaaru
ngu mkpu;
woru ngu dophu azụ
l'ẹka shi rwube ngu nụ.
7 Teke ị watarụ iya bẹ ọo-dụ
nwa mkpẹemkpee;
obenu o -rwua l'iphu bẹ
ịi-wata aba yoyoyo.
8 Jịnaa ndu shihawaa nụ;
g'ẹphe kọoru ngu iphe,
shi anwụjeru ndiche phẹ;
9 kẹle anyịbedua bụ-a
ụnyaphu bẹ a nwụru anyi;
ọphu ọ dụdu iphe,
anyi mawaru;
tẹme ndzụ anyi l'eliphe-a
dụepho kẹ nwa tsọkere.
10 Ndu ono e-zi ngu-a iphe
pfua opfu ye ngu lẹ nchị;
mbụ l'ẹphe e-gude
mmamiphe phẹ saarụ
ngu opfu.
11 Ẹ̀jì; ?oovuje ogologo ẹka
ẹpuchi adụdu.
Mbụ-a; ẹswa, dụ l'ụda
?ọobaje yoyoyo mẹ mini

adụdu l'ụda?
12 Ọobujeru;
ọ -nọdu ezekwadu-a;
e tee gbudu iya egbugbu;
ẹphe akpọshihu nkụ;
mbụ ka ẹswa akpọhu nkụ
ẹgwegwa.
13 Noo g'ọoda-pfuje iphe,
bụkpoo ndu zọharu Chileke.
Ọ bụru ẹgube ono bụ g'ele
ẹnya iphe
ndu amadụ Chileke alajẹ
l'iyi.
14 Iphe, ọ dakoberu adụje
phuge phuge.
Iphe, ọ kpọru obu yeru bụru
udude.
15 Teke ọ dakoberu ụgbu
ẹlwu-ẹlwu iya ono
l'o rikashịhu;
l'ọ bya agbakụa ya ẹka;
ọ tọ dụdu ọphu eme nụ.
16 Ọ dụ g'iphe, a kụru l'anwụ
agba iya mini.
O rwushia irwu ọ̀phúú wụshi
kẹ jashịi l'ime mgbabu
ono;
17 bya agbaa ọgbarabvu
je agbakụa l'agbara-mkpuma;
bụru ẹka ọocho bụ ẹka
dụ epfu-epfu.
18 Obenu teke e phefuru iya
l'ẹka ono, ọ kpọru ono;
ẹka ono ajịka iya sụ lẹ ya

teke ahụmaswekwaa
ya.
19 G'e lekeberu ẹnya epfu;
ndzụ iya anwụlwashihu;
iphe, a kụru akụku ọzo
eshi l'alị l'ẹka ono
wata efushi.
20 Mbụ lẹ-a; Chileke ta
ajịkajekwa onye
adụdu iphe, o meru;
ọphu ọ bụjekwanuru
agbarike onye ẹjo-iphe.
21 Oo-mecha mee;
ọnu abụru ngu ọchi ọchi.
Ogbogboromọnu ngu abụru
iphe, e-ji iya nụ bụ
okoo ngu.
22 Ndu ọhogu ngu bẹ ee-ye
iphere g'uwe;
l'a phọkashia ụlo-ẹkwa,
ndu ẹjo-iphe
kweberu buru.

# 9

Ọnu, Jiobu eye
1 Tọbudu iya bụ;
Jiobu bya eyee ọnu sụ:
2 Tororo bụ ishi opfu bụ lẹ mu
maru l'ọo eviya.
Obenu lẹ-a; ?dẹnu gẹ
gwọpya-gwọpya iphe-a,
bụ nemadzụ-a e-me
pfụbe-ẹka-ọto l'iphu Chileke?

3 Onye ọ dụ gẹ yẹe Chileke tụa
ya bẹ ọo-jịkwa
ụnu-kụru-ụnu ajị;
ọ tọo zadụ g'ọ ka mma
l'ọo nanụ.
4 Ọ maru iphe maghee ya
amaghe;
bya adụ ọkpehu dụ-ghee
ya adụ-ghe.
?Bụ onye kwefujeru iya ike;
e mechaa;
ọ dụru iya lẹ ree?
5 Úbvú bẹ oonwuribẹjeru;
úbvú ta amakpọdanu l'e
nwuribẹru iya;
ọ nọdu egudeje ẹhu-eghu
ghaa ya ịgharaphu.
6 Mgboko l'ophu bẹ
ọonmaghuje anmaghu
mee itso, e gude kpọbe iya
g'o tee kpaakpaakpaa.
7 Ẹnyanwu bẹ oopfujeru opfu
yeru; l'o chibuhu;
ìphóró, dụ lẹ kpokpode bụ
iya byanyịbotaru iya.
8 Ọ bụru yẹbedua kpoloko
sụsaru akpaminigwe
g'ọ sụsaru ono;
bya abụru iya bụ onye ahajẹ
ọkpa l'eli akparamini,
atụ l'echi eze-ẹnyimu.
9 Ọo ya meshiru oke kpokpode
kpokpode,

dụgbaa nụ;
mbụ kpokpode, bụ bịye;
yẹe orayọnu;
waa peleyadesu;
mẹwaro eze kpokpode
kpokpode,
nọgbaa l'ụzo ndọhali.
10 Oomeje iphe, dụ biribiri,
adụdu ẹtu, iya dụ nụ;
tẹme iphe-ọhumalenya
nkiya bụru agụta agụta.
11 Ọobujeru; a -nọnyaa
l'ọ bya aghata mu;
mu ta ahụmadu iya;
teke ooje l'iphu l'iphu mu
ta amadụ.
12 Ọ -nata nemadzụ iphe;
?bụ onye a-sụ iya g'o
to meshi?
?Bụ onye sụru g'ọo-jị iya sụ:
?Bụ gụnu bẹ iime ẹgube
ono?
13 Ẹhu -nọdu eghu Chileke eghu
bẹ o too selajẹkwa ẹka
azụ;
mbụ lẹ ndu ojọgu Réhabu
daru kpurumu
lẹ mgboru ọkpa iya.
14 ?Dẹnu gẹ mu e-jeje gẹ mu
l'iya je eme opfu?
?Mu doberu ọnu l'awe kẹ gẹ
mu l'iya bya
awata atụ ẹgo opfu?
15 O -betakpọnu ọphu ọ dụdu

iphe, mu meru;
mu te ejekwa iya asarụ
opfu.
Iphe, mu a-nọduekwapho
eme bụkwa gẹ mu
rwọnupho yẹbe onye-ikpe
mu ono g'ọ phụaru mu
obu-imemini.
16 Mu -kukpọo ya nụ oku;
ọ -za mu ẹnu bẹ mu ta
arịkpokwanu l'oo-yeru
mu ọnu.
17 Ọo oke phẹrephere bẹ
oo-gude bya bya egwee
mu arakabya; bya emee ọ́nyá,
tụkoru mu ẹhu-a ka shii
l'ẹbe adụ iphe, mu
meru.
18 O too kwedu g'unme rwua
mu ọhu-ẹpho.
Ọ chia mkpawere bẹ oo-gude
tsụa ndzụ mu ntsụgiji.
19 Ọ -bụru l'iphe,
eepfu bụ k'ọkpehu;
ọ bụ onye ike dụ shii.
Teke ọ bụ k'ikpe;
?bụ onye sụru iya eku
ikpe?
20 O -betakpọnu ọphu ọ dụdu
iphe,
mu meru bẹ opfu,
shi mu l'ọnu anmalẹ
mu-a ikpe.
Iswi -dụkpoo mu nụ mma;

l'ọ sụle-a l'ikpe nmarụ
mu.
21 A makwarụ-a l'ọ tọ dụdu
iphe, mu meru;
ọle mu ta ayọdu ọshi
onwomu.
Ndzụ mu dụwaa mu ashị.
22 Mbụ l'ọ tụkoru bụru iphe
lanụ;
ọ bụru iphe ono meru g'o
gude mu sụ:
“Oomebyishije ndu adụdu
iphe, ẹphe meru;
yẹe ndu bụ ndu ẹjo-iphe.”
23 Eze-iphe-ẹhuka -dapfuta ndu
adụdu iphe,
ẹphe meru;
meahaa g'ọ pyị-gbua phẹ;
k'ọphu meji tọfuaharu phẹ
atọfu;
bụle-a ọchi bẹ ọonoduje
achị phẹ.
24 Mgboko dabarụ l'ẹka ndu
ẹjo-iphe.
O gude ẹka pyị-chishia
ndu-ikpe iya ẹnya.
Ọ -bụdu iya eme iya ?bụhunu
onye bẹ eme iya nụ?
25 “Eswe ndzụ mu kakwa onye
maru ọso eme ẹgwa.
Oophegbaẹpho
phaaphaaphaa
epheghashị;
ọphu ọ dụdu g'ọ ka mma

l'ọo nwa ẹhu-ụtso,
ha nwanshịi, dụ iya nụ.
26 Oochikọtaje bụruru chighaa
g'ụgbo,
e meru l'ọwa-ụda;
zia phaa zighaa g'ugo,
ephe ejepfu iphe, oo-ri.
27 Mu -sụ gẹ mu zọhaa k'agụ
aphụ
bụ iphe, mu e-me bụ gẹ mu
gbanwee iphu
wata anwụja ọnu-ọchi.
28 Obenu l'iphe-ẹhuka,
mu eje bẹ mu
atsụkwadu-a ebvu;
kẹle mu maru l'ị tị byadu
ekwe l'ọ tọ dụdu iphe,
mu meru.
29 Eshinu a nmawaru mu ikpe;
?mu a-yọbahunaa ọshi
k'ole?
30 Ọ tọ dụkwa m'obeta mu saa
onwomu dụ g'eberugo;
bya egude ncha kwọo ẹka
mu; ọ nọdu ama mma
31 bẹ ịi-patalẹkwa mu-a chie
wuu l'ime iduma,
echi bụruru bụtubu;
k'ọphu bụ l'uwe, mu yeru
l'ẹhu bẹ mu a-dụchaa
ashị.
32 Chileke ta bụkwa nemadzụ
gẹ mu bụ-a;
mẹ mu eyekwaaru iya-a ọnu;

mẹ mu l'iya eje edogbabẹ
iya l'ụlo-ikpe.
33 Ọphu ọ dụkwanu onye
egbogbo g'o gbokahụ
anyi,
bụ onye e-seta anyi l'ẹka
doshiaru anyi opfu;
34 mbụ onye a-nafụ Chileke
ẹchachi ono,
ọowa mu l'ẹhu g'ọowa mu
iya-a;
k'ọphu ebvu, ooye mu
a-kabẹ lwa mu alị l'ẹhu.
35 Noo teke mu e-pfu g'ọnu ha
mu;
mu ta atsụhedu iya ebvu.
Obenu g'ọ dụ nta-a bẹ mu ta
adụkwa ike epfugbu
g'ọnu ha mu.

## 10

1 Anọdu ndzụ dụkwaa mu
ẹnyiru.
Ọo ya bụ lẹ-a;
gẹ mu bya evushia
mgburwashị-ẹhu mu kụbe;
mbụ lẹ mu e-pfugbuẹpho
g'ooghube mu l'obu.
2 Mu a-sụ Chileke: Ta
anmashịnu mu ikpe!
Gụshichiaru mu iphe,
bụ iphe,
ịisu l'ọo ya bụ iphe,
mu meru!

3 Tọo ?bụkpoepho iphe,
dụ ngu ree
bụ g'i mee mu mkpawere;
g'ị gbuphua iphe,
i gude ẹka ngu mee;
ọle idzu, ndu ẹjo-iphe
chịru bẹ bụle-a ọnu-ọchi
bẹ ịinwujajeru iya?
4 ?Bụ ẹnya nemadzụ mmanụ
bẹ i nweru?
Mbụ ?bụ gẹ nemadzụ eleje
iphe ẹnya bụ gẹ
gụbedua eleje?
5 ?Bụ gẹ nemadzụ anọ-bejeru
bụ gẹ ịi-nọ-beru?
Mbụ ?bụ apha ole,
nemadzụ anọje bẹ
ịi-nọkwapho?
6 mbụkwanu meru g'o gude ị
nọdu avọkpoepho
achọ ẹka o deru mu;
akpa ishi iphe,
mu meru ngu ẹji.
7 Ole ị makwarụ l'ikpe ta
anmadụru mu;
tẹme ọphu ọ dụdu onye
a-nafụta mu l'ẹka ngu.
8 Ọo ngu gude ẹka ngu mee
mu gẹ mu dụ-a.
?Ịi-bya aghakọbe nta-a bya
emebyishiẹhukwa mu
phọ?
9 Nyatakwa l'ị kpụru mu

g'eegudeje ụrwa kpụa
iphe.
?Ịi-bya bya egwee mu uji
ọzo tọo?
10 ?Tọbudu g'aawụje ẹra-eswi-a
bụ g'ị wụru mu ye;
bya emee mu; mu daa adada
g'ọhu-manụ?
11 Ị bya eworu akpọ-ẹhu
yẹe anụ-ẹhu yee mu
g'onye yeru uwe;
bya egude ọkpu yẹe
ụmi-ọkpu dzepfua
mu nanụ.
12 Ọo ngu meru; mu nọdu ndzụ;
tẹme ị nọdu egoshi l'i yeru
mu obu.
Ọ bụru g'i gude ehe mu meru
g'o gude ị nọdu eche ndzụ
mu nche.
13 Ọle i wolẹru-a iphe-a domia
l'ime ọkpoma ngu;
mbụ lẹ mu maru-a
l'ọo iphe,
ị tụru atụ̀tù dobe l'ime
obu ngu;
14 lẹ mu -mee iphe-ẹji bẹ
ịi-nọdukpoepho ege mu ngge;
ọphu ịigujeduru mu nvụ
mẹ mu meswee.
15 Ikpe -nmaa mu;
bẹ ọ bụkwapho aphụ
tsọru mu!
Iswi -dụkpoo mu nụ mma;

mu ta apalidu ishi apali;
kẹle iphere dụshi mu ike;
tẹme iphe-ẹhuka,
mu eje ripyabẹwa mu.
16 Mu -woru ishi ngakobe;
l'ị chịaha nta mu g'ẹka
oduma achị nta iphe,
oo-ri;
l'i woru ọkpehu ngu ono,
dụ biribiri ono tukoshi mu.
17 Tekenteke bẹ ịichikobeje
ndu a-nọdu agba mu ekebe;
tẹme ị nọdu anọduje avụru
mu ọvuma.
Ndu ojọgu ngu nọdu atụ
kpereree abya mu etso ọgu.
18 Mbụ-a; ?bụnaa gụnu meru
g'o gude i kufuta mu l'ophu
l'ophu l'ẹpho ne mu?
Ọ dụ mu g'a sụ lẹ nemadzụ
-byaru ahụma mu ẹnya;
mu nwụhuwaa.
19 O gege aka mu ree;
ọme mu ta adụjekpodarunu
adụdu ophu;
ọzoo ọme a nwụru mu paa
mu eli eli jeye l'ilu.
20 Nwujiku olemole, mu nweru;
?tọo bvụada?
Wofunu iphu l'ẹka mu nọ;
k'ọphu ẹhu a-tsọkpo mu
nwa ililekpọo;
21 tẹme mu alashịwaro ẹka
bụ: a -laa; a lwagụ azụ;

ẹka agba ọchii bya adụ
tsụkiribaa;
22 ẹka ẹnyashi nkiya bụ
abalị-ishi;
ẹka bụ iphe, dụ iya nụ
bụ tsụkiribaa;
iphemiphe, dụ iya nụ
ghalashịhu aghalashịhu;
ẹka nwiphe, dụ g'ìphóró,
dụ iya nụ dụ g'ẹka ọchii
agba l'ibiya-a."

# 11

*Zofa ebo iya Jiobu*

1 Tọbudu iya bụ; Zofa,
bụ onye Nama bya eyee ọnu sụ:
2 Ikpoto opfu ọwa-a a-lakọta
kẹ mmanụ
g'e te eye iya ọnu tọo?
?Aa-harụ onye ọwa-a,
epfu opfu igwerigwe-a
enge tọo?
3 Tụkpo-tụkpo-tụkpo ono,
iipfu ono;
?ọo-kpọ nemadzụ opfu
tọo?
?Tọo ọ bụ i -mecha ndiphe
sukusuku ono,
iime phẹ onoya;
ọ tọ dụdu onye agbọru ngu
ụja tọo?
4 Kẹle ị sụru l'iphe, iipfu geru
asa;

bya asụkwapho l'ị dụebe
ree l'ẹnya Chileke.
5 Ọle ọ bụ; ọ dụ mu g'a sụ
lẹ Chileke e-ye ọnu
l'onwiya;
mbụ saa ọnu pfuru opfu
nụ ngu;
6 mbụ kpuhaa iphe,
pharu lẹ mmamiphe woru
gheberu ngu ọnu;
kẹle ọkpobe mmamiphe
adụje mkpopfu mkpopfu.
Ọphu ịi-makpọadaru;
Jiobu; bụ l'iphe, Chileke eme
ngu ta ahakpọkwanu
g'ẹjo-iphe, i megbabẹru.
7 ?Ịi-dụ ike chọkpoepho
chọfuta iphe, dụ omilomi,
nọ l'ime Chileke?
?Ịi-dụ ike vọkpoepho
vọfuta ẹka
Ọkalibe-kangokọtaru-nụ
jeberu?
8 Ọ kakwa akpaminigwe
ephekerephe.
?Ịi-mekwanụ iya ime-agha
nta-a?
Ọ dụkwapho omilomi ka
alị-maa omilomi;
?bụ gụnu bẹ ịi-dụ ike maru?
9 Ogologo bẹ ọ ka mgboko-a
l'ophu ogologo.
Tẹme ọsa iya ka eze-ẹnyimu

phosa phosa.
10 Ọ -bya nta-a;
bya akpụta ngu tụ-chia;
bya ekua ngu ikpe;
?bụ onye sụru iya akpọshi?
11 Ọphu e-do ngu ẹnya ree
bụ l'ọ makọtaru ndu
ẹregede.
Tọo teke o hụmaru ẹjo-iphe;
?ọ dụ ngu g'ọ tọo tụbejedu
iya nvọ?
12 Tọ bụchidaa iphe,
ọ bụ bụ lẹ tẹme onye-eswe
enweru egomunggo
bụ mẹ nkapfụ-ịgara-ọswa
nwụa nwata-okoro.
13 "Ọle ọ bụ; i -wowaru ọkpoma
ngu doziaru Chileke
bya amachịaru iya ẹka labọ;
14 bya atụko iphe-ẹji, dụ ngu
l'ẹka hakọta ememe;
ọphu i kwedu g'ọ dụru
ẹjo-iphe, a-dụ l'ibe ngu;
15 noo teke ịi-pali iphu
ephekerephe;
iphere ta adụedu ngu.
L'ị pfụru kẹ kwaragadagangu;
ndzụ ta agụedu ngu.
16 Noo teke ịi-tụko iphe-ẹhuka
ngu zọha-gbua.
L'ọ dụ ngu g'ẹgube-a, utso
agbajẹchaa l'o kpofua.
17 Ndzụ ngu abya egbuchafụ

bya aka echi eswe agụ
ìphóró.
Ọchii abya agụsahuru ngu
dụepho g'ẹka nchi abọhu
abọhu.
18 L'ị kpọo g'abara; kẹle ọ
dụru iphe, iile ẹnya iya.
L'i leaha ẹnya mgburugburu;
atụtakporo nwunme, ịituta;
ọ tọ dụdu iphe,
byaru eme ngu nụ.
19 L'ị zẹe azẹe; ọ tọ dụdu onye
byaru eye ngu ebvu.
L'a dụ igwerigwe byaahaa
g'i yeru phẹ ẹka.
20 Obenu l'ẹnya e-mechakwaa
pyashịhu ndu ẹjo-iphe.
Ẹphe a-chọ ụzo agbala;
ọ tọo dụduru phẹ.
Iphe, ẹphe a-nọdu ele ẹnya
iya abụru atụ-buhu unme."

# 12

Ọnu, Jiobu eyeru Zofa

1 Tọbudu iya bụ; Jiobu bya
eyeeru iya ọnu sụ:
2 A taa tụdu iya atụtu;
ọo unu bụ o-pfuchaa-ọ-bvụ.
Ọ bụru unu lẹ mmamiphe
a-swị laa.
3 Ọle egomunggo dụkwa mu-a
g'ọ dụ unubẹdua.
Ọ tọ dụkwa ẹka ẹnya lwawaru

mu l'ẹka unu nọ.
?Bụ onye ta makọtadu
iphemiphe ono g'ọ ha?
4 Nta-a bẹ mu bụwaa iphe,
ezi ndu mu l'ẹphe eshi
ọ̀nyà ọnu-ọchi;
l'ẹka mu shikwa ekuje
Chileke oku;
l'ọ nụma olu mu.
Mu bya abụwaru nụ onye
aachị pfụripfuri
lẹ mụbe onye pfụberekoto
bya abụru onye iswi
dụ mma.
5 Ndu ẹhu dụ guu emeje ndu
iphe-ẹhuka byapfutaru
sukusuku; sụ l'ọo ẹpho
onye ẹpurukutu chikọtaru
abya atụ l'alị bẹ ọobya-pfutajẹ.
6 Ọle ndu abalidebvu bukwa
ntụsarehu;
ọphu ọ dụkwa onye asụje
ndu ono sụu,
bụ ndu anọduje akpatsu
Chileke iwe;
mbụ ndu Chileke phẹ bụ
l'ọbochi-ẹka phẹ bẹ ọ nọ.
7 Obenu lẹ-a; unu je ajịa anụ;
ẹphe a-kọru-a unu iphe,
mu abya epfupfu-a.
Ọdumeka unu ajịa ya ẹnu,
ephe l'eli; ẹphe a-kọru
iya unu.
8 Teke ọ dụdu unu abọoru ụja

yeru alị g'o zia unu iphe.
Ọzoo unu angabẹ nchị g'ẹma,
nọ lẹ mini zia unu iphe.
9 ?Bụ onye ole lẹ ndu ono,
mu gụshiru ono ta amadụ
l'ọo Chipfu gude ẹka iya mee
iphe-a, meru nụ-a?
10 Ọo Chileke bẹ ndzụ
iphemiphe,
e meru dobe nọkota l'ẹka.
Ọ bụru l'ẹka iya bẹ unme,
onyemonye atụ nọ.
11 Nchị ?te egejedu iphe,
ọ nụmaru egege tọo;
mbụ ẹgube ono,
ire edejeada l'iphe, ọnu
e-ri ono?
12 ?Mmamiphe ta abụdu l'ẹka
aahụmaje iya
bụ l'ẹhu ndu kahụwaru nụ?
?Tọbudu onye karụ nka
ogologo bẹ iphe edoje
ẹnya ree?
13 Ọo Chileke nwe mmamiphe;
bya enweru ike.
Ìdzù yẹe nkwamẹnya
bụkwarupho nkiya.
14 Iphe, ọ lashịru alashị bẹ ọ tọ
dụkwa onye sụru iya
ekpukwa; ọphu ọ dụkwa onye
sụru atụfu onye ọ tụru mkpọro.
15 Ọo ya bụ; ọ -sephu mini azụ;
alị akpọo jegengu.

Teke ọ gbaharu mini ẹka
l'ọ tụko ẹkameka sọaha
gborogboro l'alị.
16 Ọo ya bẹ ọkpehu yẹe
ọkpobe mmamiphe
dụ l'ẹka.
Onye a ghọru ụgho;
yẹe onye ghọru iya ya nụ
tụko dụ yẹbedua,
bụ Chipfu l'ẹka.
17 Ndu akpọ-zijeru ndu ọzo ụzo
bẹ ọogbabeje ọkpa ọto
duta phẹ dufu;
tẹme ọ nọdu emeje
ndu-ikpe g'ẹphe bụru ndu
egomunggo swehuru.
18 Ndu eze bẹ ọonafuje ọkwa
eze phẹ;
mee phẹ; ẹphe abụru ohu.
19 Ndu bụ uke bẹ ọogbabeje
ọkpa ọto duta phẹ dufu;
tẹme ọ nọdu akwatsuje
onye shihawaa ụzenya bụru
onye nọshiru ike.
20 Ndu e gude ire phẹ ẹka bẹ
oomeje g'ẹphe ta mahẹ
iphe, ẹphe e-pfu.
Tẹme ọ nọdu anafụje ndu bụ
ọgerenya iphe,
gege edo phẹ ẹnya ree.
21 Ndu a maru ẹpha phẹ bẹ
ọonmaje phulaphula.
Tẹme ọ nọdu anashịje ndu

ọkpehu dụ ike,
ẹphe nweru.
22 Ọo ya egoshije iphe,
dụ omilomi, nọ l'ọchii.
Tẹme ọ nọdu ewofutaje iphe,
gbaru tsụkiribaa tọgbo
l'ìphóró.
23 Ọo ya emeje ọha g'ọ ha shii;
tẹme ọ bụkwaru iya phọ
emebyishije phẹ.
Ọo ya emeje ọha g'ẹphe zụa
azụzu ha ọsa;
tẹme ọ nọdu ehujekwa phẹ
phọ adagba nchị l'alị.
24 Ọo ya emeje gẹ ndu bụ
ndu-ishi ụnwu-eliphe
mehu phukunaa.
Ọ nọdu enwujeru phẹ ye
g'ẹphe je etsoru
okorobo-ẹgu ghaphee
l'ẹka gbororo adụdu.
25 Ẹphe -gbẹshi;
ẹphe eje etsoru aghaphe
l'ọchii l'ẹka ìphóró
adụkpodaa adụdu ophu.
L'o mee phẹ; ẹphe akpọ
kulakula g'onye mẹe atsụ.

## 13

1 Mbẹdua gudeakwa ẹnya mu
hụmakota iphemiphe ono.
Mu gudewaa nchị mu nụma
iya; o doo mu ẹnya.

2 Iphe, unu maru bẹ mu
makwarụ-a.
Ẹnya ta alwakwaru mu l'ẹka
unu nọ.
3 Ọle ọ dụ mu g'a sụ lẹ mu
e-pfuru opfu nụ
Ọkalibe-kangokọtaru-nụ.
Gẹ mu lẹ Chileke l'onwiya
tụa ya.
4 Obenu l'unubẹdua gude
ntuphu-ire eme mu
nrwa pọmupomu.
Unu bụkota mkpọkoro ndu
eme ọbvu g'unu hakọta!
5 Ọ dụ mu g'a sụ l'unu
a-tụkokpoepho dobe
ọnu doo; mbụ l'ono
gege abụkpoerupho unu
mmamiphe.
6 Unu ngabẹwaro nchị nụma
oke ọnu mu!
Unu ngabẹ nchị l'opfu,
shi mu l'ọnu!
7 ?Bụ unu -nọdu epfu ẹgube
ẹjo-opfu ono, unu epfu ono;
unu asụ l'ọo Chileke bẹ
unu epfu iya etuku tọo?
Mbụ-a; ?bụchakwaa ya phọ
bẹ unu epfuturu opfu
ẹregede ẹregede ono,
unu epfugbaa ono?
8 ?Unu a-nọdu abọ nemadzụ
ẹbo etuku iya tọo?
?Unu eme g'unu yeeru

Chileke oke ọnu iya?
9 ?Ọo-dụ-a ree mẹ o -jeshia
unu enyocha?
?Unu a-dụa ike nmaa ya
phulaphula gẹ nemadzụ
anmajẹ nwibe iya-a?
10 Chileke bafụtajekwaru unu
mba mẹ unu gude mpya
lẹ mpya abọ nemadzụ ẹbo.
11 ?Akpabiri iya ta akabẹduru
eye unu ebvu?
?Ndzụ-agụgu iya ta akabẹdu
gudepyabẹ unu?
12 Kpaakpaa ono, unu asagbaa
ono bụkota ẹtu ẹtu,
wụlahuru lẹ ntụ.
Edodo, unu edo g'unu dofu
iya onwunu l'ẹhu bụru
edo, kwarụ l'ẹpuchi.
13 Mbụ-a; unu
nọdukpoekwapho doo
gẹ mu pfua phee onwomu.
Iphe, e-mekpọo mu nụ g'o
mee!
14 Mu e-tsebe ndzụ mu l'ọnu ẹta;
bya atụa ndzụ mu ntụmatu.
15 Ọ tọ dụkwa m'obeta ọ phụa
mu aphụphu;
mu adakobelẹkwa iya-a gẹ
mu dakoberu iya.
Mu a-pfụekwaru iya phọ
l'iphu adzọ onwomu.
16 Mbụ l'ọ kwa iphe ono

a-bụru iphe,
a-dzọta mu nụ;
kẹle ọ tọ dụdu onye ta
atsụdu Chileke ebvu
a-dụ ike akpafụ iya l'iphu.
17 Unu ngabẹkpoekwapho nchị
ree nụma iphe-a,
mu epfu-a!
G'iphe-a, mu epfu-a bamikwa
unu abami lẹ nchị!
18 Lẹ nta-a, mu edowa opfu mu
ishi ria bẹ mu makwarụ-a
l'aa-gbaru mu ọdzori.
19 ?Ọ dụru onye a-bya apfụru
pfua iphe, ọo-sụ lẹ mu meru?
Ọ -dụwaa nno;
mu a-takpụbe ọnu nwụhu.
20 Sụ-a; gụbe Chileke;
menaarụ mu iphe labọ-a,
mu abya ngu arwọrwo-a;
gẹ mu ahaa edomi onwomu
edomi l'iphu ngu!
21 Wofukpọe mu phọ ẹka l'ẹhu
ewofu ophu.
L'ị haa mu eyephe ebvu ono,
iiye mu ono.
22 Noo teke bụ: i -kua mu oku;
mu aza ngu ẹnu.
Teke ọdumeka;
haa gẹ mu pfuje epfupfu
g'i yejeru mu ọnu.
23 ?Bụ emeswe ole yẹe iphe-ẹji
ole bẹ mu mekpọoru?

Goshiẹshikwa mu ẹka o deru
mu yẹe iphe-ẹji, mu meru.
24 ?Dẹnu g'o gude ọphu
ịi ghadụru mu iphu;
i woru mu mee onye opfu
ngu?
25 ?Bụ mkpẹekwo, phẹrephere
apa bẹ ịi-nụ chịipfuu?
Tọo ?bụ ẹswa, a phụshiru
l'iphe bẹ ịi-wata achị ọso?
26 Noo kẹle iphe, i deshiru lẹ
mu meru bụchaa iphe,
rwuru mu l'anụ-mee;
tẹme ị tụko ẹjo-iphe,
mu meshiru teke mu bụ
okorọbya byabẹ
mu l'ishi.
27 Ị chịru mu ọkpa ye lẹ
mkpọro;
tẹme ị nọdu anọduje
enyocha iphemiphe,
mu emekpọo ememe l'ophu;
mbụ mechaa mu ọhubama
l'ichirupfu ọkpa;
k'ọphu ịi-majẹru ẹka mu
zọru ọkpa.
28 Noo g'o gude nemadzụ nọdu
erwushihuje g'iphe,
rehuru erehu;
mbụ lẹ nemadzụ alajẹ pyẹtee
g'uwe,
mkpu tapyashịru.

# 14

1 Nemadzụ, nwanyị
nwụru-a
bẹ eswe ndzụ iya adụdu
igwerigwe.
Tẹme ọ bụerupho iphe-ẹhuka
bụ iphe, jiru iya nụ.
2 Ọojataje ẹgwegwa g'okoko;
l'ọ bụhukwaru iya phọ
anwụlwashihu.
Ọ bụru g'onyonyo,
a taa nọribejeduru-a
bụ g'ọ tọ dụdu ẹka
ọono-bejeru.
3 ?Bụ ẹgube nemadzụ ono
bẹ iije eworu ẹnya swọbe?
?Ii-jeje iya akpụta bya g'i
kpee ya ikpe l'iphu
ngu?
4 ?Bụ onye sụru g'oo-ye ẹka
l'iphe, adụebedu ree
wofuta iya iphe, dụebe ree?
Ọ tọ dụdu!
5 Eshinu a gụwaru eswe,
nemadzụ a-nọ-beru ndzụ
ọgu doberu iya;
tẹme ị bya atụ-buwaru iya
ọnwa ole, ọo-nọ l'eliphe-a;
bya egoshiwa iya
g'oo-jebejeru l'eliphe-a;
6 wofunụ iya ẹnya;
hanaa ya g'ọ tụsaru ẹhu;
jasụ l'o jee oke ozi iya

jeghee g'onye e butaru
ozi.
7 Kẹle-a; oshi, bvuru l'alị
nwekwarụ iphe,
oole ẹnya iya;
mbụ l'e -gbutsua ya
l'ọomita ọzo l'upfu iya.
Ono, ọ mịtaru k'ọ̀phúú
ono abya adzụru ọzo.
8 Ọgbarabvu iya erehu kwaa
l'ime alị.
Upfu iya anọdu l'alị nwụhu.
9 Teke igwe dzeẹrupho mini
l'ọ kpọ-futa;
mbụ l'o rwua irwu ọ̀phúú
g'iphe, a kuru akụku.
10 Obenu lẹ nemadzụ abụjeru;
ọ -nwụhu; nkiya abvụ.
Ọ -tụwaa unme ikpazụ;
ọ tọo tụbaedu ọzo.
11 Ọo g'eze-ẹnyimu adụje mẹ
mini tabọta iya-a;
ọzoo g'agụga agụga nggele
adụje nkwagbo-nkwagbo
mẹ ọ tahụ-a;
12 noo gẹ nemadzụ azẹ-zetajẹ;
ọ tọo gbẹshibaedu jasụ
teke igwe ta adụhedu.
Ọ tọ byadu agbẹshibaa;
ọphu e metebaẹdu iya lẹ
mgbẹnya ono, tụru iya
nụ ono.
13 Ọ dụ mu g'a sụ l'ii-wotakpọe
mu phọ je edomia l'alị-maa;

mbụ kpuchia mu iphe
l'ẹka ono jasụ ẹhu
eghubuhu ngu eghu.
Ọ dụ mu g'a sụ l'i gege
atụkpoepho sụ l'ọwa-a
g'ọo-nọ-beru baa;
tẹme l'ị nyatabaa mu.
14 Mbụ-a; nemadzụ
-nwụhuchaa; ?ọo-dzụru
ndzụ ọzo?
Mbụ eswe ujiku olemole-a,
mu eje ozi mkpọnwu
ẹhu-a bẹ mu gege
angabẹepho g'o rwua
eswe mbọku, ee-me mu
gẹ mu dụ k'ọ̀phúú
k'ọ̀phúú.
15 Noo teke bụ: i -kua mu oku;
mu aza ngu ẹnu.
Onye ono, bụ ngu gude ẹka
ngu mee ya dobe ono
adụaha ngu ree l'ẹnya.
16 Noo teke ịi-nọdu agụkwanu
ije mu ọgu.
I tii nyochaẹkwanu iphe-ẹji,
mu meru.
17 Iphe, bụkpoo emeswe,
mu mesweru ngu abụru
iphe,
ịi-chịru ye l'ẹda kechia.
L'i woru iphe kpuchia l'iphe-ẹji,
mu meshiru ngu.
18 Obenu lẹ-a; ọo g'úbvú
anọnya l'o ribashịhuaha

eribashịhu phọ;
ọ bụru g'aanọnya l'a
phọfu oke agbara-mkpuma
l'ẹka ọ kpọru phọ;
19 mbụ lẹ-a; ọo gẹ mini emeje
mkpuma l'o chi swacha
swacha phọ;
tẹme ọchioku-mini nọdu
asọchataje ẹja, nọ l'alị phọ;
noo g'ịisotaje iphe,
nemadzụ ele ẹnya iya
sọfukpoepho asọfu.
20 Ọo ugbo lanụ bẹ ịikapyabeje
nemadzụ ẹnya l'ọ bụru
iya atụgbu.
L'i mee ya g'ọ gbanwụbe
iphu l'ị chịfu iya.
21 Teke aakwabẹ ụnwu iya
ùbvù; ọ tọ dụedu iphe ono,
dụru ọphu ọ makwaduru.
Teke eehu phẹ adagba-nchị
l'alị;
ọ tọ dụedu ọphu
ọohumakwadu.
22 Ọ bụwaru iphe, erwuje iya
l'ẹhu bụ iphe,
eme iya ẹhuka l'ẹhu nkiya.
Ọ -nọdu agụ aphụ l'ọ gụwaru
iya rọ onwiya.

# 15

*Elifazu epfu lẹ* Jiobu nmawaru onwiya ikpe
1 Tọbudu iya bụ; Elifazu onye

Temanu bya eyee ọnu sụ-a:
2 Onye maru iphe; ?oopfuje
opfu, enwedu ishi;
ọzoo tsụkoo okpomọku,
shi lẹ phẹrephere
ẹnyanwu-awawa
tsụ-jia onwiya ẹpho?
3 ?Bụ mkpọkoro-opfu bẹ onye
maru iphe egudeje
eye ọnu l'opfu;
mbụ epfupheẹpho opfu,
adụdu mẹ nanụ, barụ urwu?
4 Mbụ lẹ gụbedua wokpọerupho
k'atsụ Chileke ebvu hua
l'alị;
bya akpọshikwapho
g'e te pfujehẹ nụ Chileke
epfupfu ophu;
5 kẹle ọo iphe-ẹji ngu ezi ọnu
ngu iphe, oo-pfu;
mbụ l'ọo ire onye ẹregede
bẹ i gude epfu opfu.
6 I gudeakwa ọnu ngu anma
onwongu ikpe.
Ọ tọ bụekwa mbẹdua anma
ngu ikpe.
Ọ bụru ogbogboromọnu ngu
agba ngu ekebe.
7 ?Bụ ngu bụ nwa mbụ,
e beberu nwụa?
?Ọ dụ g'i vu úbvú úbvú ụzo
nọdu l'eliphe-a?
8 ?Ọ dụ g'ị nụmaru idzu,

Chileke chịru?
?Tọo ịiri l'ọo ngu maru iphe
nwẹkinyi ngu?
9 ?Bụ gụnu bẹ ị maru,
anyịbedua amadụ?
?Bụ gụnu bu iphe,
edoje ngu ẹnya,
te edodu anyịbedua?
10 Ndu ishi bụwaa ẹwó ẹwó;
mbụ ndu kahụwaru akahụ
bẹ anyi l'ẹphe nọkwa l'ẹka-a;
mbụ ndu a nwụadaru
tẹme a nwụa nna ngu.
11 ?Ọ dụ g'obu ono, Chileke adụ
ngu ono parụ ngu nwanshịi
l'ẹnya; mbụ opfu ono,
a tọru nwẹhu rwebe ẹhu
erwebe epfu anụ ngu ono?
12 ?Dẹnu g'o gude ị haa ọkpoma
ngu g'o duta ngu dufu?
Mbụ-a; ?dẹnu g'o gude ẹnya
nọdu atụ ngu vaavaavaa
g'ọotu ngu ono
13 kẹ g'i woru ẹhu-eghu ngu
atụ-koshi Chileke;
tẹme opfu, dụgbaa ẹgube ono
shigbaa ngu l'ọnu afụshi?
14 ?Bụ gụnu bẹ nemadzụ bụ kẹ
gẹ ọ bya adụebe ree?
Mbụ-a; ?bụ gụnu bẹ
nemadzụ ono,
bụ nwanyị nwụru iya ono
bụ kẹ g'ọ pfụbe-ẹka-ọto?

15 Ọ -bụru lẹ Chileke te
egudedu ire ndu nkiya ẹka;
ọphu imigwe adụebedu
ree l'ẹnya iya;
16 ?tọ kadụnu ta agụbe
nemadzụ iphe;
mbụ nemadzụ ono,
adụdu iphe, ọ bụ;
tẹme ụrwuali ji iya ẹhu;
tẹme ọ nọdu angụ ẹjo-iphe
g'onye angụ mini?
17 Ngabẹru mu nchị ree gẹ mu
mee g'iphe doghee
ngu ẹnya edoghe;
gẹ mu kọoru ngu iphe,
mu gudewaa ẹnya mu hụma;
18 mbụ iphe, ndu maru iphe
pfuru tọgbo iya ẹba;
ọphu ọ dụdu iphe,
ndiche phẹ pfuru phẹ dụru
ọphu ẹphe domiru edomi.
19 Ndiche phẹ ono bụ phẹ
gẹdegede bẹ a nụru alị-a;
ọphu ọ dụdu onye lwarụ
alwalwa, tụswaru
l'echilabọ phẹ.
20 Sụ-a; onye ẹjo-iphe
anọdujekwa atsụ pfụpfupfu
mkpụrumkpuru
jasụkpoo g'ọo-nọ-beru;
ndu ewebushi akụrepho
nọdu anọduje
aghakọtaepho gburugburu

lẹ nwime apha olemole,
e doberu phẹ l'eliphe-a.
21 Iphe, anọduje aphụ iya
gbudugbudu lẹ nchi
bụerupho iphe, eye ebvu.
Teke iphe dụkpoo
rengurengu kpọ;
noo teke ndu abalidebvu
abyajẹ ibe iya.
22 Ọ to byadu ekwe lẹ ya a-lwa
ndzụ l'ime ọchii ono,
ọ bahụru ono.
Ọ bụru l'ogu-echi bẹ
oo-mecha laa.
23 Ootsojeru aghaphe achọ ẹka
ya a-kpata nri.
Ọ -nọdu l'ọoji sụ:
“?Bụ awe bẹ ọ nọ?”
Ọ maanarụ-a l'eswe,
a-gba ọchii bẹ nọkwa
iya ntse.
24 Ẹjo iphe-ẹhuka yẹe iphe-aphụ
abyajẹ abyabẹ iya
ndzụ-agụgu l'ẹhu.
Ẹphe anọdu echeru iya
ẹka mgba g'onye eze,
doziru onwiya abya
eje ọgu.
25 Ọ bụru iphe, tụkoru iya
kpaa bụ l'ootsuru
Chileke ẹka l'ọkpoma.
Tẹme ọ nọdu ekoshi ọphoo
l'iphu
Ọkalibe-kangokọtaru-nụ.

26 Oogudeje olu,
aha kpaakpaa
agba biribiri etso iya ọgu;
parụ phosa phosa iphe,
shihuru ike,
ya e-gude gboberu onwiya
l'ọgu, yẹe ya alwụ.
27 "A makwarụ-a l'iphu aza
iya tootootoo;
ọ tsụa anụ kẹ nyịmunyimu
l'upfu;
28 obenu l'ẹka oo-mecha buru
bụ mkpụkpu,
bụwaa ochobu;
buru l'okorobo ụlo,
adụdu onye bu iya nụ;
ụlo, a hawaru; ọ bụru ikpọzu.
29 O too nwehẹduru iphe;
ọphu ẹku iya a-nọribeduru;
ọphu iphe, o setarụ eseta
ejedzuduru alị iya.
30 Ọ tọo nahụdu ọchii.
Tẹme ọ bụru ọku e-mechaa
kee irwu, o rwuru.
Chileke a-phụa ya ọnu
phụkashia.
31 G'o to jekwa eme onwiya
eswe l'akpọru obu ye l'iphe,
abụdu iphe;
kẹle ọ tọ dụdu iphe,
oo-rita iya.
32 Ọ tọo nọ-rwudu ndzụ l'ishi;
l'a pfụwaa ya ụgwo iphe,
oome pfụ-dzua ya ya

apfụ-dzu;
ọphu ẹkali iya ajadu àjàjà.
33 Ọo-dụ gẹ vayịnu,
e chikoshiru akpụru iya
l'ẹbe ọ cha achacha;
mbụ l'ọo-dụepho g'oshi
olivu, tụchaaru ige;
o rishihu;
34 kẹle iphe, bụkpoo ndu ta
atsụdu Chileke ebvu
a-gbakọtaru ẹka nwa.
Ọ bụru ọku e-tsufu ụlo ndu
yeru obu l'eri ụphalazu.
35 Ẹgube ndu ono atsụtaje
ime nchọ-kopfu.
E -mechaa; ẹphe anwụa
ẹjo-ememe.
Ẹregede dụ phẹ l'ẹpho
evu evuvu."

## 16

*Jiobu epfu l'ọnyà iya phẹ* dụru iya ẹhuka
1 Tọbudu iya bụ; Jiobu bya
eyee ọnu sụ:
2 Mu anụmajehaakwa ẹgube
opfu-a, unu epfu-a.
Ayọ ọshi k'unu bẹ unu
gudekwa ayọpyashi
nemadzụ ayọpyashi.
3 Opfu, phẹrephere apa ono,
unu epfu ono;
?tọo bvụdu abvụbvu?
?Bụ gụnu bẹ kpatsuru unu
k'epfu g'unu epfu ono?

4 Mbẹdua gege epfukwa g'unu
epfu ono;
ọme ọ dụru unu g'ọ dụru
mu-a.
Mu gege anọdukwa epfu
ẹrengete opfu gude eyeru
unu ọnu;
ekweru unu une.
5 Ọle mu gege akabẹkwa gude
ọnu mu dụa unu obu;
mbụ l'ọshi, mu gude obu mu
phọ yọoru unu gege
emekwa g'ẹhu gụa unu phoo.
6 Ọle ọ bụ; mu -pfua opfu gẹ
mu epfuhabe;
iphe, eme mu nụ emelẹ
mu-a l'ẹka oome mu.
Teke mu harụ epfufu;
?bụ g'ọ ka mma?
7 Mbụ-a; Chileke mewaru;
ike bvụ mu;
bya eworu ndibe mu l'ophu
mee; ẹphe lakọta l'iyi.
8 O mewaru mu;
mu gbajọshihuchaa
agbajọshi.
Ono bụru iphe, ekebe dụ.
Awụfu, mu wụfuru bụru
ọkpu bụkwaru phọ iphe,
agba mu ekebe.
9 Chileke gudewaa ẹhu-eghu
lajashịa mu alajashị;
mu bya adụ iya ashị;
tẹme ọ nọdu ataru mu

eze nyịkinyiki.
Onye ọhogu mu ono nọdu
agba mu ẹnya agbagba.
10 Ndiphe anọduje ebvu mu
ọnu l'ẹhu.
Tẹme ẹphe nọdu anọduje
echi mu ẹka lẹ nchị
gude eme mu iphe-iphere;
mbụ tụgba nanụ g'ẹphe
kpọnyia mu ẹnya.
11 Chileke nwuwaru mu
yeru ndu ẹjo-iphe;
mbụ-a; o nwuwaru mu ye
ndu ẹjo-iphe l'ẹka.
12 Ẹhu shikpọekwapho
dụ mu gubala;
ọ bya anyakashia mu tọgbo;
pyịta mu l'ẹkpiri woru mu
hua ehurugehu.
O woru mu mee iphe,
o gude anwụ agba mgbẹka.
13 Apfụ iya shi mu l'iphu shi
mu l'azụ ada mu l'ẹhu
pụrumu pụrumu.
Ọphu imemini mu adụkpodaa
ya g'ọosufushi mu meji.
Ọtso-ilu mu nọdu awụ l'alị
kẹ torotoro.
14 O -gude l'o yeru mu ọru l'o
yekwasẹ mu iya ọzo.
Ọ nọdu azụje mu gburumu
pfụrii g'onye ọgbogu.
15 Mu chịtawaru uwe-aphụ

kpube onwomu;
bya eworu ukuu-ẹnya mu
nwua l'imime urwuku.
16 Mu rawaru ẹkwa;
ẹnya chakọta mu kẹ tọroro;
mbụ l'ẹnya gbahụkotawaru
mu kẹ tsụkiribaa.
17 Ọle ọ tọ dụkwanu
iphe-kpanganga,
mu asụ lẹ mu mejeru.
Tẹme epfupfu, mu anọduje
epfu anụ Chileke bụru
iphe, doru rịsaa.
18 Gụbe alị; te erikwa mee mu!
Jiko gẹ mkpu,
mu echi ba adamihukwa
adamihu!
19 Mbụ lẹ ntaakpọnu bẹ
onye-ekebe mu nọkwa
l'imigwe.
Onye agbarụ mu ọdzori
anọdukwapho
l'ephekerephe.
20 Ọo ndu mu l'ẹphe eshi ọ̀nyà
ekweru mu une.
Ọle onye mu arakwanụ ẹkwa
ekpu bụ Chileke.
21 E gege akabẹkpoo rwọo
Chileke l'iswi ẹhu nemadzụ
ẹgube ono, nemadzụ arwọje
arwọrwo l'iswi ẹhu
nemadzụ ibiya ono.
22 “Ọ kwa nwapha olemole
phọduru;

mu ejeshia iphe-ọzo ono,
bụ: mu -jee ya mu ta
alwabaẹdu onoya.

## 17

1 Ọkpoma ta adụekwa mu
ree.
Eswe ndzụ mu bẹ e meakwaru;
ọ tsụ-phu azụ.
Ilu echeakwa mu echeche.
2 Mbụ lẹ ndu nọru mu
mgburugburu
bụkotaepho
ndu ekweru mu une.
Ọ bụerupho ẹka ẹnya mu
atụbaje bụ l'aphụ,
ẹphe akpatsushi mu.
3 Natanụ mu mkpalẹka;
jiko Chileke;
kẹle ọ tọ dụdu onye ọzo,
sụru g'ọona mu mkpalẹka
gbahaa gụbedua.
4 I mechiwaru phẹ ẹkpa
egomunggo;
ọphu ọ dụedu iphe,
edoje phẹ ẹnya.
Ọo ya bụnu l'i tii kwedu
g'ẹphe mekpee mu.
5 Onye jịkaru ndu yẹle iya
eshi ọ̀nyà l'opfu g'e bua
ya nggo bụkwa ụnwu
iya bẹ ẹnya e-mechaa
nyịshihu.
6 Chileke mewaru mu iphe,

onyemonye gude
atụ phukuku.
Mu bụru onye ndiphe agbụ
ọnu-mini l'iphu.
7 Mu jewaru iphe-ẹhuka jasụ mu
nọdu aphụwaa ragaraga;
mbụ l'ẹhu mu l'ophu erewa
ụphere.
8 Ndu obu phẹ gụru ìphóró
bẹ ọ tụfuru ẹhu.
Ndu iswi dụ mma swọlihu
tsoru ndu te emedu
ele Chileke.
9 Ọle g'ọ dụhabe;
ndu pfụberekoto
a-bụenurupho onye
ẹphe bụ;
tẹme ndu iswi dụ mma
a-nọdu akaẹepho ọkpehu
eje.
10 Obenu l'unubẹdua;
unu bya atụko g'unu ha
nọkobe.
Ọle ọ bụ; mu ta ahụmakwa
g'ọ ka mma l'ọo onye lanụ,
maru iphe lẹ g'unu ha.
11 Eswe ndzụ mu bvụakwaru;
iphemiphe,
mu rịru k'ememe bụakwaa
kẹ mmanụ.
Nokwaphọ g'iphe gụru mu
ẹgu ememe dụkwapho.
12 L'unubẹdua woru ẹnyashi
kua echi eswe.

Ọ bụru l'ẹka ọchii gbaru
tsụkiribaa bẹ ẹphe nọ sụ:
Ha! Ìphóró adụakwanu.”
13 Ọ -bụru lẹ mkpakọ unuphu
mu ele ẹnya iya bụ
alị-maa;
ọ -bụru l'ẹka mu e-je agbaa
iphe-azẹe bụ l'ẹka gbaru
tsụkiribaa;
14 ọ -bụru lẹ mu sụru ilu
l'ọo ya bụ nna mu;
bya ekua ẹkà nene mu;
ọzoo kua ya nwune mu;
15 ?bụbahunaa gụnu ọzo bẹ
mu e-lebaa ẹnya iya-a?
?Bụ onye a-sụbaa mu l'ọwa-a
iphe,
mu a-nọdu ele ẹnya iya
bụ ọwa-a?
16 ?Oo-tsoru mu nwuda
l'alị-maa tọo?
Anyi l'iya a-tụko bụru
wurumu l'ilu tọo?

# 18

*Bilidadu abar*ụ Jiobu mba
1 Tọbudu iya bụ; Bilidadu,
bụ onye Shuwa bya eyeeru
iya ọnu sụ iya:
2 ?Dẹnukpoo teke ii-pfubuhu
g'iipfu ọwa-a?
G'egomunggo dụnu ngu;
k'ọphu anyi a-maru g'anyi

e-gude eye ọnu l'iphe-a.
3 ?Dẹnu g'o gude anyi dụ g'anụ
l'ẹnya ngu;
mbụ l'ị tụkoru anyi kua
ndu mmanụ?
4 Gụbe nwọphu ẹhu ghutaberu
eghu;
k'ọphu i woru onwongu
labushia nanụ nanụ;
?bụ g'a gbadoru ngu
mgboko l'ophu?
Tọo ?bụ g'e je aphọshiaru
ngu agbara mkpuma
g'ọ tọ dụhe l'ẹka ọ dụ?
5 “Sụa; ìphóró, dụru ndu
ẹjo-iphe bẹ aa-phụnyikwa;
ọphu ọku iya enwuẹkwa
enwunwu.
6 Ìphóró, shi dụ l'ụlo iya
a-bụkwaru ọchii.
Ọku anyịhu l'orọku,
ọ sụ-kuberu onwiya.
7 Ọkpa ono, o shi azọje
gbụnyingu gbụnyingu ono
ta adụekwa ike, adụ iya nụ.
O bụru iphe, ọ chịru idzu
ememe e-nwuta iya
tụa kpurumu l'alị.
8 Ọkpa, ọ zọru azọzo bụ l'ẹka ọ
zọru iya bụ l'ụgbu,
e geru doberu iya.
Tẹme ọ bụru l'eli igbudu
bẹ ọo-zọ ọkpa.

9 Agburu, e kweberu iya a-tụ
iya l'ichiripfu ọkpa.
Ọ-tụ-gburumu atụa ya swịswia.
10 A tụru obu-alị domiaru iya
l'ụzo, ooshi;
bya agbabẹkwaru iya phọ
ọ́nyà lẹ gbororo.
11 N-yemebvu emeje gẹ ndzụ
gụ iya l'ẹkameka, ooshi.
Tẹme ọ nọdu anọduje etsoẹ
ya phọ pụrupuru l'iphe,
bụkpoo ẹka ọ zọru ọkpa.
12 Ike shi dụ iya;
obenu lẹ nta-a bẹ ọokpuwaa
rịgorigo.
Tẹme eze iphe-ẹhuka nọdu lẹ
mgboru iya kwabẹru iya
m'ọbvu teke ọo-da.
13 Akpọ, dụ iya l'ẹhu bẹ
ọonoduje atapyashị.
Ọkpara anwụhu nọdu
atụkoje iya ọkpa yẹe
ẹka tajishia.
14 Aa-kpụta iya l'ọkpehu
kpụfu l'òbú iya,
bụ ẹka ọ kpọru obu ye;
dụbe iya ẹka je enwuru
yeru onye eze n-yemebvu.
15 Ọ tọ dụedu iphe,
nọ l'ụlo iya ọphu ẹka
iya a-dụ.
Ọ bụru ọku nshị-egbe bẹ
ee-woru kpua l'ụlo iya.

16 Ọo-kpọhu nkụ jasụ
l'ọgbarabvu;
nwụa lwaa jasụ l'ẹkali iya.
17 Ọ tọ dụdu onye anyatabaa
ya nụ l'eliphe-a;
ọphu oonwehẹdu ẹpha
lẹ mgboko-a.
18 Aa-chịfuta iya l'ẹka ìphóró
dụ;
chịru iya je eye l'ẹka agba
ọchii;
mee ya l'ọ chịhu lẹ mgboko
mgburugburu.
19 O too dobedu nwa;
ọphu o nweẹdu abụbu lẹ
ndu ẹka o shi.
Ndibe iya ta adụedu adụdu
ophu l'ẹka o bujeru.
20 Ndu shi l'ụzo ẹnyanwu-arịba
-bya bya ahụma
g'ọonwuru iya;
ndzụ erwuta phẹ.
Ndu shi l'ụzo
ẹnyanwu-awawa
-hụma iya;
ishi anyịa phẹ ẹdzu.
21 Hoo haa; nokwa g'ọoduje
l'ibe onye eme ẹjo-iphe,
bụ onoya.
Ọ kwa ẹgube ono bụ g'ọoduje
l'unuphu onye amadụ
Chileke.”

# 19

*Jiobu epfu g'opfu ono gude erwube iya l'*ẹhu

1 Tọbudu iya bụ; Jiobu bya
eyee ọnu sụ:
2 “?Unu a-nụkpoo mu aphụ
ọwa-a,
unu anụ mu ọwa-a jasụ
teke ole?
?Bụ teke ole bẹ unu
e-gweberu mu uji ọwa-a,
unu gude opfu egwe mu
g'unu egwe mu ọwa-a?
3 Ọwaa kwewaa ugbo iri,
unu kọru mu ọnu;
ọphu iphere adụdu unu ẹka
unu abya mu l'iphu
ẹhuka-ẹhuka.
4 Ọme ọ bụkpoonu l'ọo eviya
lẹ mu shiswewaru ụzo;
emeswe ọbu, mu mesweru
ọbu bụkwa mu bẹ ọ nọ swiru.
5 Unu -nọdu etu onwunu
ọphushugbu eje
abyapfuta mu;
bya egude iphe-iphere,
anwụru mu nụ abarụ mu
mba;
6 unu maẹkwarupho
l'ọ kwa Chileke meru mu ẹji.
Ọo ya woru ụgbu-egege iya
woru lọ-phee mu
mgburugburu.
7 Mu chia mkpu sụ l'eemekwa
mu ẹji;

ọphu ọ dụdu onye yeru
mu ọnu.
Mu chia sụ g'a gbaaru
mu mkpu;
ọphu ọ dụdu onye harụ
mu enge.
8 Ọo Chileke nọ-chiru mu
ụzo gẹ mu ta aghatashị.
Ọ bya emee; ụzo,
mu eshi gbakọta ọchii.
9 Ọ nafụru mu ùbvù,
e shi akwabẹje mu;
bya eye ẹka kputa mu
okpu-eze, mu shi kpuru.
10 Ọ tọ dụkpodaa ụzo,
o to shidu alajashị mu
kẹ tarara tarara jasụ mu
bvụ gẹ mu bvụru-a.
Iphe, mu ele ẹnya l'oo-me
l'ẹhu mu bẹ o phefuwaru
g'onye phefuru oshi.
11 Ẹhu-eghu iya bẹ o mewaru;
o nwuhu ọku l'ẹhu mu;
bya agụru mu yeru ndu
ọhogu iya.
12 Ojọgu iya phẹ nọdu
asọ kpereree abyapfuta mu.
Ẹphe kephee mu ekephe;
bya anọ-phee ẹka mu
bu mgburugburu.
13 Ndu mu l'ẹphe bụ nwune
bẹ o bukafụru mu l'ẹphe;
bya emee ndu mu l'ẹphe

shi aswị ọswi;
ẹphe gbakashịhu.
14 Ndu mu l'ẹphe bụ ipfu
gbawa nanụ-nanụ.
Ẹguru ọ̀nyà mu phẹ
zọhashia mu.
15 Ẹbyaa, byaru mu nụ;
mẹ ndu bụ ohu mu gụa
mu l'onye lwarụ alwalwa.
Ẹphe nọdu asụje lẹ mu
bụ onye ọhozo.
16 Mu -kua ohu mu oku;
ọ tọo zadụ mu ẹnu;
l'ẹka mu gudekpọkwaa
ọnu mu rwọo ya arwọrwo.
17 Udzu ọnu mu nọdu
eshijechaa nyee mu ishi.
Unwune mu gẹdegede
nọdu ebuhachaa mu ebuha;
18 mbụ l'ụnwegirima
nshịi yịchakwa lẹ ndu
epfutọshi mu nụ.
Ẹphe -hụma mu;
ẹphe achị mu ọchi.
19 Ndu mu l'ẹphe shi nọdu
phakuu
bẹ mu dụkotawaa ashị.
Ndu mu yeru obu ghaa
ọhu meahaa iphe,
a-tsụru mu nụ.
20 Nta-a ta adụedu iphe,
mu bụ,
abụdu phulaphula akpọ
yẹe ojogorogo ọkpu.

Nta-a bụwaa iphe,
phọduru mu l'ọnu,
gege abụru eze bụ
ẹgbu kpoloko.
21 Unu kabẹnu phụaru
mu obu-imemini unubẹdua,
mu l'unu eshi ọ̀nyà.
G'imemini mu kabẹnu dụ unu;
l'ọ kwa Chileke chiru
mu ẹka-a, mu l'iya eme-a.
22 ?Dẹnu g'o gude unu je
anọdu achịkwa mu phọ
gẹ Chileke achị mu?
?Unu teke atajikpọdaa anụ
mu ẹpho?
23 Ọ dụ mu g'a sụ l'iphe-a,
mu epfu-a bẹ eede edede
l'ẹkwo;
mbụ g'a sụ l'e ebyịru iya
ebyibyi l'ẹkwo dobe;
24 l'e gude mkpụrukpu-ígwè
dee ya l'eli mkpuma;
mbụ kaa ya akaka l'agbara
mkpuma g'ọ nọwaro ojejoje.
25 Ọle ọphu mu maru bụ
l'onye a-gbafụta mu nụ
nọ-a ndzụ;
l'e -mechakpọepho l'ikpazụ
iya bẹ ọo-pfụru-a l'eliphe-a.
26 Lẹ teke e
mebyishichakpọorunu
akpọ-ẹhu mu ọwa-a
bẹ mu e-gudelẹ-a anụ-ẹhu

mu hụma Chileke.
27 Ọo mbẹdua l'onwomu
e-gude ẹnya mu
hụma iya gẹdegede;
ọ tọ bụdu onye ọzo;
mbụ l'oovukpọo mu
evuvu l'ọkpoma shii.
28 Unu -jee l'asụ:
‘?Anyi a-chịhunuru iya gụnu;
l'ẹka ọ bụ iya bẹ iphe-ẹhuka
ono l'ophu shi l'ẹka.’
29 Unu tsụnapho ogu-echi
Chileke ebvu;
unubẹdua l'onwunu;
kẹle oke ẹhu-eghu bụkwa
ogu-echi bẹ oowotajẹru
nemadzụ.
Ọ bụru teke ono bẹ unu
a-maru l'ikpe dụ.”

# 20

Ọnu, Zofa yeru
1 Tọbudu iya bụ; Zofa, bụ
onye Nama bya eyee ọnu sụ:
2 Ọ kwa l'egomunggo agbanụka
mu gharaghara meru g'o
gude mu nọdu eye ọnu-a,
mu abya eyeye-a;
kẹle ẹhu te ebvuduru
mu ebvuru.
3 Mbụ lẹ mba ono, mu anụ ono
bẹ iphere iya dụ mu.
Ọ bụru iya l'akpali mu eye ọnu.

4 Ire-lanụ bụ opfu bụ l'ị maru-a
g'iphe dụkpoo e -shi lẹ ndiche;
mbụ eshi ọphu e meru
nemadzụ dobe l'eliphe.
5 Ị maru-a l'onye ẹjo-iphe bẹ
ẹhu-ụtso nkiya abụjele-a tsọkere;
mbụ l'onye amadụ Chileke bẹ
ta adụdu g'ootebejeru ẹswa.
6 A makwarụ-a l'eku-onwonye
nkiya erwuje akpaminigwe.
Ọ nọdu apangobeje ishi
ẹhuka-ẹhuka;
k'ọphu ishi iya ejeje
asụ-pfuru l'urwukpu.
7 Ọle ọo gẹ nshị, o nyịru
anyịnyi erekashịhuje-a
bụ g'oo-rekashịhu jasụ
l'ojejoje.
Ndu shi ahụmaje iya nụ
e-mechaa ajịje sụ:
?O jehunuru awe?
8 Ọo gẹ nrwọ ephukashịhuje-a
bụ g'oo-phukahụ;
ọphu a hụmabaedu iya
ọhumalenya;
mbụ l'oo-me phosamu
g'ọphulenya, a phụru l'ẹnyashi.
9 Onye shi hụma iya nụ -nọnyaa
bẹ ọ tọo hụmahedu iya ọzo.
Ọkpoku ibe iya ta
ahụmabaedu iya ẹnya
ọzobaa.
10 Ọ bụru ụnwu iya e-mechaa

pfụa ndu akpa nri
ụgwo iphe, o meru phẹ.
Mbụ l'ẹphe e-mechaa gude
ẹka phẹ nụ-phuchaa phẹ
ẹku phẹ ono azụ.
11 Ọkpehu ọkpehu ono,
o shi eme k'okorọbya ono
etsoru iya bụru wurumu
l'ilu.
12 A makwarụ-a l'ẹjo-iphe
atsọje iya ụtso l'ọnu.
Ọ nọdu akpụjeru ẹjo-iphe l'ọnu;
gude ire sụ-mia ya.
13 A makwarụ-a l'ọ tọo dụjedu
ike haa ẹjo-iphe g'o je;
l'o wojeru iya kpụru
akpụru l'ọnu.
14 Ọle nri, o riru eriri
e-mechakwanaa nọdu
iya l'ẹpho shiahaa ishi.
Nri ọbu e-mechaa dụ iya
l'ẹhu g'onye óghù tsọru ọnu.
15 Noo teke ọo-gbọshi ẹku ono,
o shi elwee kawọmu
kawọmu onoya;
mbụ lẹ Chileke e-me
g'ẹpho iya tụko iya nwashịa
g'ọ ha.
16 L'ọ wata ericha ọnu-mini
óghù.
Ọ bụru ire, óghù meru
nmẹremu e-mechaa
kpọ-nyịa ya ẹnya.

17 Ọ-sọ-gborogboro ono taa
adụedu iya k'ele ẹnya;
mbụ nggele ono, bụ iphe,
agba iya dẹredere bụ
manụ-ẹnwu yẹe mini
ẹra-eswi ono.
18 Iphe ono, o seru akanya
iya ono bẹ oo-mecha
nụ-phu azụ;
o too ridu iya l'ọnu.
Urwu, dabarụ iya lẹ nghọ,
ọ gbaru ta atsọhedu iya ụtso.
19 Iphemiphe ono bụru opfu l'o
mewaru ndu akpa nri
mkpawere woru phẹ
tọgbo mgbegere.
O yeru ẹka nata ndiphe ụlo,
ọ tọ kpụduru.
20 Hoo haa; eshinu ọ tọo
nmapfujeduru anmapfuru
l'eme ụghoro bẹ ọ tọ
dụkwa iphemiphe ono,
agụ iya nụ ono dụru ọphu
oo-nweru;
ọphu ẹku iya adzọkwanu iya.
21 Ọ tọ dụedu iphe, dụru iya nụ,
bụ iphe,
oo-gude ria gwọo-gwọo.
Ẹku iya ta adụkwa ẹka
ọo-nọ-beru.
22 Ọo teke ọ nọ eri g'ọ dụ iya
bẹ ọla-l'iswi atụje iya l'ụpfu;
mbụ aphụ asọru kpulakpula
bya asọ-kputa iya ishi.

23 Ẹpho -bya eji iya;
Chileke atụkoepho oke
ẹhu-eghu iya byabẹ iya l'ishi;
chiẹ ya phọ gbaa-gbaa.
24 Teke o ketarụ ọso nahụ
mgbọ-ígwè;
apfụ, e kweru l'onyirubvu
eguru iya l'okpurukpu.
25 L'ọ bya ephefu iya
l'okpurukpu iya;
mbụ phefu iya mpyịpyi
iphe-ígwè ono,
charu ọku gbarara ono
lẹ meji.
Ndzụ-agụgu emee ya omeliwe.
26 Ẹku iya l'ophu abụru iphe,
kụru l'ọchii.
Ọku, e nweziduru enwezi
enwulihu woru iya
kepyashịa tsupyashịchaa
mẹ nwa ndu phọduru l'ụlo
iya.
27 Akpaminigwe l'ophu atụko
ẹjo-iphe,
o mekọtaru kpuhaa ghebe
ọnu.
Alị agbalihu gbaa ya ekebe.
28 Mini abyaa utso bya ekpota
ụlo iya;
mbụ ọ-gba-gborogboro
mini a-bya mbọku,
Chileke a-tụ-koshi iya
ẹhu-eghu iya.

29 Noo ẹgube obunggo,
Chileke ebuje ndu ẹjo-iphe;
tẹme ọ bụru okiphe,
Chileke gude ẹka iya
keru nụ phẹ.

# 21

*Jiobu epfu gẹ* ndu ẹjo-iphe ababeje ụba
1 Jiobu bya eyee ọnu sụ:
2 Unu ngabẹkwa nchị
ree l'opfu-a, mu epfu-a.
G'ono bụkpoorunu obu unu
dụa mu iya.
3 Unu takpọepho nshi haa gẹ
mu pfughee.
Mu -pfuchaa; unu emeahawa
mu rọ sukusuku ọbu.
4 Aphụ, mu agụ; ?bụ nemadzụ
bẹ mu agụru iya?
?Dẹnu ẹka mu e-gude taa nshi?
5 Unu lee mu ẹnya ree;
hụma l'unu a-kpọ beru.
Unu woru ẹka hua l'ọnu.
6 Ọobujeru; mu -rịnyaa iphe-a;
ndzụ agụaha mu;
ẹhu aphụkota mu
kpaakpaakpaa.
7 ?Dẹnu g'o gude ndu ẹjo-iphe
nọdu anọduje ndzụ;
kaa nka; ẹphe abụru ndu
ike dụ?
8 Ẹphe anọdu hụma;
ụnwu phẹ ekofutachaa

bya ebuchaaru shihu ike
nọ-phee phẹ mgburugburu.
Ẹphe anọdu gude ẹnya phẹ
hụmachaa nwanwanwaranwa
phẹ nno kwaphọ.
9 Unuphu ibe phẹ adakọta jii;
ọ tọ dụdu ndzụ-agụgu,
adụ iya nụ; ọphu Chileke
echidu phẹ ẹchachi.
10 Oke-eswi ibe phẹ eyeẹpho
eswi ime l'o rwuberu iya.
Eswi phẹ ono atsụepho ime eje;
ọ tọ dụdu ọphu ekwo nwa.
11 Ẹphe anọdu azụshi ụnwu
g'ikpoto atụru.
Ụnwegirima ono -teru ebvu
shia ẹkiya-a;
ẹphe eteru iya shia ẹkiya-a.
12 Ẹphe egude ogumogu gude
une agụ ntụmatu.
Ẹphe eme ẹmereme egbu opu
eye iya.
13 Ẹphe eria gwọogwoo;
tụsaru ẹhu jasụ g'ẹphe
a-nọ-beru.
Mbọku, ẹphe a-nwụhu;
ẹphe anwụhuepho lẹ
nchị-odoo.
14 Ẹphe asụje Chileke g'ọ parụ
phẹ haa;
l'ọ tọo gụdu phẹ ẹgu amaru
ụzo iya.
15 Ẹphe asụ: ?Bụ onye bẹ

Ọkalibe-kangokọtaru-nụ bụ
kẹ g'ẹphe jeeru iya ozi?
?Bụ gụnu bẹ ẹphe erita l'epfu
anụ iya?
16 Ọphu ẹphe amadụ l'ajàjà,
ẹphe jàru ta abụdu phẹ
bẹ o shi l'ẹka.
Noo ẹka mu gude ọphu mu
ayịdu l'ìdzù, ndu ẹjo-iphe
achị.
17 Ọle ọ bụ; ?ọ dụkpooru teke
aaphụnyije ọku ndu ẹjo-iphe?
?Ọ dụkpooru teke eze
iphe-ẹhuka abyapfutajẹ phẹ;
bụ iya bụ obunggo ono,
Chileke egudeje ẹhu-eghu
bua ono?
18 ?Ọ dụkpooru teke aanọnyaje;
ẹphe adụ g'ẹswa ọkponku,
a kụberu l'ẹka phẹrephere ezi;
mbụ ẹphe adụ g'ẹswa ereshi,
oke phẹrephere ezikashị?
19 A sụkwaru lẹ Chileke
ewojeru iphe, o gogo me
nemadzụ doberu ụnwu iya.
Ọle ọ bụ; g'o wojeru iphe ọbu
mee onye meru iya nụ;
k'ọphu onye ono a-maru
l'ọola ụla iphe, o meru.
20 G'o gude ẹnya iya hụma
ọla-l'iswi, a-byapfuta iya nụ.
G'oke ẹhu-eghu
Ọkalibe-kangokọtaru-nụ

tukokwaru iya l'ishi.
21 Kẹle nwa ọnwa olemole,
a nụru iya l'eliphe-a -bvụwa.
?Ọ kpakwadụ ishi ndu
ọ harụ l'eliphe mẹ ọ tọwaa azụ?
22 Sụ-a; ?ọ dụru onye sụru
g'oo-zi Chileke mmamiphe;
eshinu ọ bụ iya ekpeje ndu
kakọta shii ikpe?
23 A -nọnyaa; nwoke
agbakwohu nwụhu;
onye ẹhu dụ guu;
ọphu ọ dụdu iphe,
atsụ iya l'ẹhu;
24 onye ẹhu dụebe nwa
pukalapukala;
ụmi tsụru iya l'ọkpu.
25 Onye ọzo ejekpọepho
iphe-ẹhuka tẹme l'ọonwuhuje;
mbụ l'ẹhu teke atsọ-swee
ya ụtso.
26 E -mechaa l'a tụko phẹ libe
l'alị;
ẹ̀kà atụko phẹ ripyabẹ.
27 Iphe, unu arị dokwaru mu
ẹnya ree;
mbụ iphemiphe ono,
unu gude ọriri kpakọo bo
mu onoya.
28 Unu pfuru sụ: ?Bụ awe bẹ ụlo
oke amadụ nọhunu;
mbụ ụlo ono, ndu ẹjo-iphe
shi bugbaaru onoya?

29 ?Unu teke ajị-swekpọo ndu
ije ajị?
?Unu teke atọ-swee nwẹhu
gbua igo l'iphe, ẹphe gude
ọnu phẹ akọ?
30 Sụ l'oke iphe-ẹhuka byaru ọha;
ọphu ọ dụdu iphe,
o meru onye ẹjo-iphe.
Chileke bya atụ-koshi ndiphe
oke ẹhu-eghu iya;
ọphu ọ dụdu iphe,
o meru onye ẹjo-iphe.
31 ?Bụ onye apfụjeru iya l'iphu
gbaa ya iphe, oome?
?Bụ onye apfụje iya ụgwo iphe,
o meru?
32 Eelije iya l'ilu lirwee elirwe.
A gbẹnu eche ilu iya echeche
g'ọ tọ dụ iphe, e-me iya nụ.
33 Ẹja, shi lẹ nsụda a-dụ iya ree
l'ẹhu.
Ndiphe l'ophu awụ etso iya l'azụ;
tẹme ndu ọphu bụ agụta
agụta vuwaru iya ụzo
wụru jeshia.
34 "Sụ-a; ?bụ mkpọkoro opfu
ono, unu epfu ono bụ obu,
unu nọdu adụ mu iya nta-a
tọo?
Kẹle iphe, bụ ọnu, unu eye ta
adụkwa iphe, dụ iya nụ,
abụdu ụka bẹ unu adzụshi."

# 22

*Elifazu ebo iya Jiobu* ọzo

1 Tọbudu iya bụ; Elifazu onye
Temanu bya eyee ọnu sụ-a:
2 ?Bụ Chileke bẹ nemadzụ
abarụ urwu?
Mbụ-a; onye maru iphe;
?ọo-bakpọru iya nụ urwu?
3 ?Bụ ụdu ẹhu-utso gụnu bẹ
oo-meru nụ
Ọkalibe-kangokọtaru-nụ
m'ọ bụru l'ị bụ onye
pfụberekoto?
?Bụ gụnu bẹ oo-rita iya;
ọme ọo kẹ g'a sụ l'ọ tọ
dụdu ụta, dụ ngu l'ẹhu?
4 ?Bụ l'ị bụ onye atsụje iya
ebvu bẹ ọobaru ngu
mba iya?
?Bụ iya bẹ o gude kua ngu
ikpe tọo?
5 Ọo ẹjo-iphe ngu pakpọoru
ẹka apaa.
Iphe-ẹji, iimeshi bụ agụta agụta.
6 Mkpalẹka, iipfu g'unwune
ngu naa ngu te nwekwa ishi.
Gụbe onye atọtaje ndiphe ẹkwa,
ẹphe nma l'upfu gbabẹ
phẹ ọto.
7 Onye ike bvụru bẹ i ti
chebeduru mini.
Ị parụ nri domiaru onye ẹgu
agụ g'o to ri iya.

8 Ọle ị bụkwa oke amadụ,
nweru alị ẹka ngu;
bya abụru onye aakwabẹ
ùbvù buru l'alị ọbu.
9 Ụnwanyi, ji phẹ anọedu
-gbapfuta ngu l'i chiphu
phẹ azụ; gbabẹ phẹ ẹka ọto;
tẹme ị nọdu emeje g'ike
bvụ ndu enwedu nna.
10 Ọo iphe ono meru g'o gude
a gbaa ọ́nyà gbaphee
ngu mgburugburu.
Ọtulupfu, eye ngu ebvu nọdu
atsụ ngu l'ẹhu.
11 Ọo iphe ono meru g'o gude
ẹkameka gbahụkota ngu
ọchii; k'ọphu ọ tọ dụedu
iphe, ịihumaje.
Ọ bụru iphe ono meru g'o gude
utso gbawa gbamia ngu.
12 Ẹka Chileke nọ bụkwa ẹka
kachaa ephekerephe l'imigwe.
Hụmawaro gẹ kpokpode
nọ-be ephekerephe!
13 Ị gbẹ sụ: “Chileke ?ọ maru
ole?
?Ọogbeje l'ẹka agba ọchii
ẹgube ono ekpe ikpe?
14 ?Mbụ l'oke urwukpu
sọpyaberu iya;
k'ọphu ọ tọo hụmajedu
anyi ẹnya m'ọ nọdu
aghaphe lẹ mgbaka igwe

yẹe alị.”
15 ?Bụ ụzo, ịi-nọdu eshi bụ
akahụ ụzo ono,
bụ ụzo, ndu ẹjo-iphe tọru?
16 Ndu ono bẹ a
kpọ-kwofukwaru
akpọ-kwofu;
ẹphe laa teke o teke
agbadu phẹ k'alala.
Ukporo-mini bya avụa phẹ
l'ọgbarabvu.
17 Ẹphe sụ Chileke: “Parụ anyi
haa!
?Bụ gụnu bẹ
Ọkalibe-kangokọtaru-nụ
e-me anyi?”
18 Ọle ọ kwa iya vukọru iphe,
dụ ree vujia ụlo phẹ evuji.
Noo ẹka mu gude ọphu mu
ayịdu l'ìdzù, ndu
ẹjo-iphe achị.
19 Ndu pfụberu-ẹka-ọto
ahụmaje iyi, yiru phẹ
nụ tee ẹswa.
Ndu iswi dụ mma achịa phẹ
ọchi sụ:
20 Tororo; ndu ọhogu anyi
bẹ a kabẹkwa mebyishia.
Ọku tsuakwaru ẹku phẹ.
21 Sụ-a; wodurusphọ onwongu
sẹe asẹe l'ẹka Chileke;
k'ọphu gụ l'iya a-dụ lẹ ree.
Ọo ya bụ g'oojehuru ngu.

22 Natadụpho anma ọkwa,
shi iya l'ọnu.
Woru opfu iya doo giriri
l'ọkpoma ngu.
23 L'ị -lwaphuta azụ
lwapfuta
Ọkalibe-kangokọtaru-nụ
bẹ oo-dophu ngu azụ
l'ọnodu ngu.
Ị -tụko ẹjo-iphe, dụ l'ibe ngu
woshikọta;
24 bya eworu mkpọla-ododo
ngu l'ophu rwụa lẹ ntụ;
mbụ tụko mkpọla-ododo
Ofi ngu je achịru ye l'ọgba
g'ọ bụru mkpuma
nọ lẹ mini;
25 noo teke
Ọkalibe-kangokọtaru-nụ
a-bụru mkpọla-ododo ngu;
bụru mkpọla-ọchaa,
kakọta ree, i nweru;
26 noo teke
Ọkalibe-kangokọtaru-nụ
atsọaha ngu ụtso;
l'ị paliaha iphu lee Chileke.
27 Teke ono bẹ ii-pfuru nụ
Chileke; l'ọ nụma olu ngu;
tẹme l'i mekwaaru iya phọ
iphe, i kweru ukwe iya.
28 Ịi-tọje ọkpa iphe; l'e mee ya
g'ị tọru iya.
Ìphóró abya adụru ngu l'ụzo,

iishi.
29 Teke e wozeru nemadzụ alị;
ị -sụ g'e wolia onye ono eli;
Chileke adzọo onye ono,
e wozeru alị ono;
30 mbụ l'ọo-dzọ ndu iswi
adụdu mma.
Ọ bụru iphe, oo-gude dzọo
phẹ bụ lẹ gụbedua
l'onwongu dụ chịriri.

# 23

1 Jiobu bya eyee ọnu sụ:
2 Ntanụ ọwa-a bẹ aphụ,
mu agụ erwukwa mu lẹ
meji.
Ẹka Chileke anyịlekwaa
tụ́dúú l'ẹhu mu l'ẹka mu
atsụkpokwaa ude-a,
mu atsụ-a.
3 Ọme mu makpọoru ẹka mu
a-chọ-vu Chileke.
Ọ dụ mu g'a sụ lẹ mu a-dụ
ike jerwua ẹka o bu;
4 mẹ mu apfụru iya l'iphu
pfua g'ooghu mu;
mẹ mu l'iya atụe ya phọ
jasụ mu epfugbua g'o
jiru mu ọnu.
5 Noo teke mu gege
amawarụro iphe,
o gogo yeru mu ọnu;
mẹ iphe,
oopfu edokwanaa mu

ẹnya.
6 ?Oo-gude ike-ọkpu gẹ mu
l'iya kpegba ikpe tọo?
Waawakwa; o togọ dụkwa iphe,
o g'agụru nụ mu l'onoo iphe,
mu meru.
7 Ọo l'iphu ẹka ono bẹ onye
pfụberekoto gege apfụru
kọoru iya iphe,
atsụ iya l'ẹhu;
mẹ ọ dzọo mu l'ẹka
onye-ikpe mu;
mu enweru onwomu jasụ
l'ojejoje.
8 Obenu lẹ g'ọ dụ nta;
mu -chọo ya shia ụzo
ẹnyanwu-awawa;
mu ta ahụmadu iya;
teke mu chọru iya shia ụzo
ẹnyanwu-arịba;
mu ta ahụmakwa iya phọ.
9 Ọ -nọdu lẹ ndẹgu eje ozi iya;
mu ta ahụmadu iya.
Teke ọ shiru ụzo ndọhali;
mu ta ahụmakpodaa ya
rọ ahụma ophu.
10 Ọle mbẹdua ta adụkpodaa
ụzo, mu shiru, ọ madụ.
Ọ bụru iya bụ ọ -hụchaa mu
ama;
mu amaaha mma gẹ
mkpọla-ododo.
11 Ọkpa mu etsoẹkwapho ẹka ọ
zọru ọkpa pụrupuru.

Ọ bụekwapho ụzo,
ọ tọru bẹ mu tsoru;
ọphu mu ahajẹkwaru iya
shiahaa ụzo ọzo.
12 Iphe, ọ sụru g'e meje bẹ mu
teke ahaswekwaa ememe.
Opfu, shi iya l'ọnu bẹ mu
kakwa agụbe iphe
eme lẹ nri, mu erije
mbọku-mbọku.
13 Obenu l'ọ pfụru akatakpa
ẹka iya;
tẹme ?bụkwanu onye sụru
iya akwachị ụzo?
Ọo iphe, dụ iya ree ememe
bẹ oomeje.
14 Ọ chịru idzu mee iphe,
dụ iya ree l'ẹhu mu.
Ọ chịbakwaaro ẹgube idzu
ono igwerigwe
woru kwachiaru onwiya.
15 Ọo iphe ono meru g'o gude
ọ nọdu abụjeru;
mu -nọdu l'ẹka ọ nọ;
ndzụ agụshi mu ike.
Teke mu rịtaru iya;
ndzụ agụahaa mu.
16 Chileke mewaru mu;
meji nọdu emewaa mu
phẹripheri;
mbụ lẹ
Ọkalibe-kangokọtaru-nụ
yewaru mu ebvu.

17 Ọ tọ bụdu ọchii, l'agba nụ
meru gẹ mu dobe ọnu doo;
mbụ ọchii ono,
tụkoru mu iphu
rachia ono.

# 24

*Umere ndu* ẹjo-iphe
1 ?Bụ gụnu kparụ iphe,
Ọkalibe-kangokọtaru-nụ
te edobejedu mbọku,
oo-kpe ikpe?
Dẹnu g'o gude ndu maru
Chileke nọdu anọduje
ele ẹnya
ẹgube eswe mbọku ono;
ọ tọ dụdu ọphu ẹphe
ahụma?
2 Mkpuma a kpọberu gude
kpaa oke alị bẹ amadụ
aphọribejeru.
Ẹphe nọdu echechaa eche
atụru, ẹphe rwutaru l'iphuru.
3 Ẹphe nọdu achịfuje
nkapfụ-ịgara nwogbee;
bya anatajẹ nwanyị,
ji iya anọedu oke-eswi
iya l'itumo.
4 Ndu ụkpa bẹ ẹphe
achịribejeru l'ụzo;
tẹme ẹphe nọdu akpatajẹ
gẹ ndu akpa nri domishia
onwophẹ.

5 Ọo gẹ nkapfụ-ịgara-ọswa
etsojeru echiẹgu aghaphe-a
bụ gẹ ndu ụkpa etsojeru
aghaphe achọ ẹka ẹphe
a-kpata nri.
Ọ bụru l'okorobo-ẹgu bẹ
ẹphe akpatajẹru ụnwu
phẹ nri.
6 Iphe, bụ mkpakọ nri,
ẹphe erije bụ iphe,
ẹphe tsoru ọma ẹgu kpata
l'akpa.
Tẹme ẹphe nọdu ejejechaa
akpa ọbu eje iya l'ẹgu
ndu ẹjo-iphe.
7 Eshinu ẹphe enwedu uwe
bẹ ẹphe agbajẹru ọto zẹe
fụta ụtsu.
Oyi -tsụa g'ọ tsụhabe;
ẹphe te nweduru iphe,
ẹphe e-gude kpuchia
onwophẹ.
8 Igwe -wata edze eze mini;
mini, shi l'úbvú ono
anmaa phẹ; ẹphe adụ shẹgele.
Ọ bụru l'agbara mkpuma bẹ ẹphe
ejeje anmakoru;
kẹle ọ tọ dụedu ẹka ọzo,
ẹphe a-gbaba je ekpuru.
9 Nwa, enwedu nna bẹ a natarụ
ne iya teke ọongukwadu ẹra.
Ndu akpa nri bẹ a narụ ụnwu
phẹ opfu l'ẹphe ji ụgwo.

10 Eshinu ẹphe enwedu uwe
bẹ ẹphe agbajẹru ọto tsoru
aghaphe.
Ẹgu anọduje eme phẹ;
ẹphe evukwaru iphe,
e meberu l'opfu evulata.
11 Ẹphe anọduje lẹ mgbabu
olivu mee manụ olivu.
Ẹphe abya akụa mẹe-vayịnu
kụta; l'ọogu phẹ;
ẹphe te ededu iya ire.
12 Ude, ndu anwụhu anwụhu
atsụ bẹ adashị ike lẹ mkpụkpu;
tẹme maa ndu e mekarụ
iphe nọdu echi mkpu
achọ onye e-yeru phẹ ẹka;
ọphu ọ dụdu onye Chileke
angajẹru nchị l'iphe, oopfu.
13 O nweru ndu ọphu kpọru
ìphóró ono ashị.
Ẹphe ta amadụ ụzo iya amama
ophu;
ọphu ẹphe eshidu gbororo
iya ililekpọo.
14 Ọobujeru;
ẹkameka -gbahụepho ọchii;
mgbugbụmadzu agbalihu
je egbua onye ụkpa yẹe
onye adụdu g'ọ dụ iya.
Ọ bụru l'ẹnyashi bẹ
ọonoduje apya g'onye-oshi.
15 Ọzo bụ l'onye eri ogori
bụ iphe, ọonoduje ele ẹnya

iya bụ nchi-ejihu.
Ọriri iya abụru:
“Nta-a bẹ mu maru l'ọ tọ
dụdu onye hụmaru mu nụ!”
L'o woru iphu mee g'a ta hụbe
iya ama.
16 Ọo l'ọchii bẹ ndiphe ejeje
etsufua ụlo nwibe phẹ bahụ.
Teke o beru l'eswe;
ẹphe agụ-chia onwophẹ
ụzo nọdu;
noo kẹle ìphóró adụje
phẹ ashị.
17 L'ẹhu nkephẹ g'ẹphe hakọta
bụ ọchii,
agbashị ike bụ nchi-abọhu
nkephẹ.
Ọ bụru n-yemebvu,
nọ l'ọchii bẹ ẹphe l'ẹphe
eshi ọ̀nyà.
18 “Obenu l'ẹphe bụ ụphu-mini,
tukoru l'eli mini.
Oke-alị phẹ bẹ a tụru ọnu;
k'ọphu ọ tọ dụdu onye
agba ọkpa l'ẹka ẹphe
kọru opfu.
19 Ọo ẹgube ono, okpomọku
yẹe anwụ erwubashịje
aka-mini-sunoo-a;
bụ g'ilu anọduje alwụko
ndu emeje iphe-ẹji.
20 Ẹpho ne phẹ eworu phẹ
zọhaa.
Ẹ̀kà akpaa phẹ nri l'ẹhu.

Ndu ẹjo-ememe ta adụkwa
onye anyatajẹ phẹ nụ.
Ọ kwa g'aagbakwoshije oshi-a
bụ gẹ aagbakwotajẹ phẹ.
21 Ụnwanyi, ta atsụdu ime yẹe
ndu ọphu enwedu nwa
bẹ ẹphe egudeje azụ
onwophẹ;
ọphu ẹphe aphụjeduru
ụnwanyi, ji phẹ anọedu
obu-imemini.
22 Obenu lẹ Chileke egudeje
ike iya lọo ndu nweru
ike phèlèphèlè.
A makwarụ-a l'ẹphe angụjeru
angụru l'eliphe-a;
obenu l'ẹphe ta amajẹdu
?ẹphe a-nọdu ndzụ tọo
ẹphe ta adzụdu.
23 Ọopajekpokwaaru phẹ rọ
haa g'ẹphe tụta unme;
ẹphe nọdu tụzowaruro ẹhu;
ọle ẹnya iya dụepho l'iphe,
ẹphe eme.
24 E -mee g'e kuliru phẹ eli;
a -nọepho nwanshịi;
ẹphe ephukahụ.
L'a bya ekuzetakpọo phẹ alị;
ọnwu eworu phẹ gbua
g'oogbuje ndu ọzo.
L'e gbua phẹ g'onye egbu
ishi akpe.
25 Teke ọ bụ l'ọ tọ dụdu gẹ

mu pfuru ono;
g'onye a-gba mu iya nụ
gbawa mu iya rọ.
G'onye ono byawarọ apfụru
sụ l'iphe-a,
mu epfu-a ta adụdu iphe,
ọ bụ!”

# 25

*Bilidadu epfu l'*ọ tọ dụdu
onye pfụberekoto l'iphu Chipfu
1 Tọbudu iya bụ; Bilidadu,
bụ onye Shuwa bya
eyeeru iya ọnu sụ iya:
2 “Ọo Chileke bẹ abụru
ishi dụ l'ẹka;
tẹme ọ bụru iya bẹ ọha
l'ophu gbaru g'ẹphe
tsụje ebvu.
Oomeje gẹ nchị dụ doo
l'ephekerephe.
3 ?Bụ onye adụ ike agụta
ojọgu iya l'ọgu?
?Tọ bụ onye bẹ ìphóró,
shi iya l'ẹka te erwudu
l'ẹhu?
4 ?Dẹnu g'eeshi gẹ nemadzụ
bụru onye pfụberekoto
l'iphu Chileke?
?Dẹnu g'eeshi gẹ nemadzụ,
nwanyị nwụru bụru
onye dụebe ree?
5 Ọ -bụkpoorunu l'ọnwa te

echizidu echichi;
ọphu kpokpode egbudu
nwịinwii ree l'iphu iya;
6 ?bụchia nemadzụ, bụ
ẹkà-alị bẹ ọ gụberu iphe;
mbụ nwa, nemadzụ nwụru,
bụ mgbashiride bẹ ọ bụ?”

## 26

*Jiobu epfu g*ẹ Chileke habe shii
1 Tọbudu iya bụ;
Jiobu bya eyee ọnu sụ:
2 Lewarọ ẹgube mkpu,
ịigbaru onye adụdu ike,
dụ iya nụ!
Lewarọ ẹgube g'i gude dzọo
onye ẹka tsụhuru mẹe!
3 Lewarọ ẹgube ẹguru idzu,
ị chịru nụ onye amadụ iphe;
mẹkpoo iphe, dụ omilomi,
ị chịfutachaaru ghebe ọnu.
4 ?Bụ onye pfubuderu ngu
iphemiphe ono,
i pfukọtaru ono?
?Bụ unme onye gbẹ ngu l'ọnu
pfua ya?
5 Ndu nwụhuru anwụhu bẹ
ndzụ-agụgu mekwarụ;
ẹphe nọdu aphụ kparịkpari;
mbụ ndu maa,
bu lẹ mkpula mini;
mẹ ndu ọphu bu iya l'ime.
6 Alị-maa gbakwa ọto l'iphu

Chileke.
Ọla-l'iswi ghekwarụpho ọnu
l'iphu iya.
7 Akpaminigwe, nọ l'isheli bụ
iya gbaru iya ogodo dobe;
ọphu ọ dụdu l'eli iphe,
ọ tụkoberu iya.
Mgboko-a l'ophu bẹ o meru
dobe;
ọphu ọ dụdu l'eli iphe,
ọ tụ-koberu iya.
8 Oke mini bụ iya kpụkoru
iya dobe l'urwukpu;
ọphu urwukpu
agbawashịhujedu.
9 Ọo ya phụ-chiru atatiphu
aba-eze iya;
mbụ woru urwukpu nkiya
phụshi iya l'eli.
10 Okoke, bụ ẹnya-erwu bẹ
ọ tọgbowaru l'eli eze-mini.
Ono bụru okoke, ọ kparụ
doberu ìphóró yẹe ọchii.
11 Ọobujeru ọ -baa mba; itso,
gude igwe anmaa jiijiijii
tsụhu ebvu.
12 Ọo ike nkiya bẹ o gude mee
g'oke-ẹnyimu deru yẹkete.
Ọ bụru mmamiphe iya bẹ o
gude gbua Réhabu.
13 Ọo unme bẹ ọ tụru atụtu;
akpaminigwe nọdu ama
ntụmatu ono.
Tẹme ẹjo-agwọ ono,

akpụ wuruwuru ono bụ
iya nmafuru iya ẹpho.
14 Sụ-a; iphemiphe ono hachaaru
bụru iphe, oomeje;
ọle ụdu iya ta adụdu ẹka o
jeberu.
Ọle ọ bụ; ike iya ono,
adajẹ g'egbigwe ono;
?bụ ono sụru g'oo-do
iya ẹnya?

# 27

1 Jiobu nọdu epfukwarọ
iphe, oopfu eje. Ọ sụ:
2 Eshinu Chileke nọ ndzụ g'ọ
nọ iya-a;
mbụ onye ono,
te ekwedu haarụ mu enge;
bya abụru yẹbe
Ọkalibe-kangokọtaru-nụ ono,
meru g'obu mu gbua ire l'iphe,
atsọ ilu.
3 Eshinu ọphu ndzụ nọkwadu
mu l'ime ililekpọo.
Unme, Chileke kuru nụ mu
nọdu eshijekwadu mu
l'imi akpụshi;
4 bẹ mu ta abyakwa egude
ogbogboromọnu mu
pfua ẹjo-opfu;
ọphu ire mu ọwa-a abyadụ
epfu iphe, bụ ẹregede opfu.
5 Tụswekwa! Mu ta abyakwa

ekwe l'iphe,
unu epfu bụ ọkpobe-opfu;
ọphu mu abyakwa l'ekweta
l'iswi ta adụdu mu mma
jasụ mu anwụhu.
6 Apfụbekoto mu ono be mu
e-gudeshiẹpho gẹ mu gudeshi
iya; ọphu mu abyadụ aha iya
ahaha ophu;
ọphu ẹkpa-egomunggo mu
abyadụ abarụ mu mba
jasụ gẹ mu a-nọ-beru.
7 Sụ-a; gẹ ndu ọhogu mu
dụkwa gẹ ndu ẹjo-iphe dụ.
Gẹ ndu mu dụ ashị dụkwa gẹ
ndu apfụbeduru ẹka ọto.
8 Lẹ-a; ?bụ gụnu bẹ onye
amadụ Chileke elekwadu
ẹnya iya mẹ ọ chịhuwaa;
mbụ mẹ Chileke wofuwaa
ndzụ iya?
9 Ẹgube onye ono bẹ Chileke
ta angajekwaaru nchị l'olu mẹ
oke iphe-ẹhuka byapfuta iya;
10 ọphu
Ọkalibe-kangokọtaru-nụ
adụjeekwa iya ree;
ọphu ọ bụekwa tekenteke
bẹ ọora-kuje Chileke.
11 Gebe gẹ mu bya egoshi
unu g'ike dụ-be Chileke;
mbụ l'ụzo kẹ
Ọkalibe-kangokọtaru-nụ

ono bẹ mu te
edomikpọdaanu edomi.
12 Eshinu unu hụmakotawaru
iphe ono l'onwunu;
?dẹnuhunu g'o gude unu nọdu
epfuhunu opfu, enwedu ishi
ọwa-a?
13 Nokwa ẹgube obunggo,
Chileke ebuje ndu ẹjo-iphe;
tẹme ọ bụru okiphe,
ndu iwashị eketajẹ l'ẹka
Ọkalibe-kangokọtaru-nụ
bụ onoya.
14 Ọ tọ dụkpodaa g'ụnwu
iya a-habe l'ọtu;
iphe, nọ swiru phẹ nụ
bụ l'aa-phụ phẹ tẹterii.
Awa iya ta abyakpọdaa
ahụmaje nri, sụru phẹ
eriri.
15 Ọ bụru ẹjo iphe-ememe bẹ
e-gbushi awa iya ndu ọphu
wafụru nụ; ọphu ụnwanyi,
ẹphe harụ l'ụlo-maa aradu
ẹkwa phẹ.
16 A makwarụ-a l'ọ kparụ
okpoga kụbe l'ikpo
l'ikpo g'onye kụberu ẹja;
bya anmaa uwe kụbe g'onye
kụberu ẹja-ụlo;
17 obenu l'uwe ono, ọ kụberu
ono bụ ndu pfụberekoto
e-mechaa yee ya.

Ọ bụru ndu iswi dụ mma
e-mechaa kee okpoga
phẹ ono.
18 Ụlo, ọ kpụru dobe dụle-a
phuge phuge g'ẹka
udude kweru;
mbụ l'ọ dụ gẹ nwobu,
onye-nche kpụru nọdu.
19 Ọ zẹ azẹe onye nweru iphe;
ọle ọ tọo zẹbaekwanu iya.
Ọ -bya asa ẹnya ta adụedu
iphe ono ọphu
ọohumakwadu.
20 Ndzụ-agụgu asọpyabeje
iya g'onye mini sọpyaberu.
Oke phẹrephere nọdu abyajẹ
ezikọta iya l'ẹnyashi.
21 Phẹrephere, shi l'ụzo
ẹnyanwu-awawa apatajẹ
iya pamihu;
a taa hụmabaedu iya;
mbụ l'oozikọtaje iya
pafụkpoe ya phọ l'ibe
iya apafu ophu.
22 Ọotuje iya gbaagbaa;
imemini iya ta adụdu l'ẹka
ọogbalaru ike iya.
23 L'oochi iya ẹka gbaagbaa;
l'ọophuru iya
swooswooswoo gude
zikọta iya zifu l'ibe iya.

# 28

1 Sụ-a; ẹka eebvutajẹ
mkpọla-ọchaa dụ.
Ụ́zú, aakpụje mkpọla-ododo
dụkwapho.
2 Ígwè bụkwa l'alị bẹ eebvutajẹ
iya.
Ọ bụru akpaga bẹ eegudeje
meta onyirubvu.
3 Mbụ lẹ nemadzụ bvuwaru
ọchii omilomi omilomi;
bvurwukpọepho ẹka alị
kachaa omilomi;
ẹka ẹphe achọ iphemiphe
ono l'ime alị.
4 E shi l'ẹka nemadzụ bu ebubu
l'eli alị
bvua ọgba omilomi
omilomi;
bvurwua ẹka ọkpa teke
azọbeswee ililekpọo;
nọdu l'omilomi ẹka ono,
adụdu onye nọ iya nụ ono
akụ eregede akụ akụkunvu.
5 Ọ bụru alị ono, bụ iya bẹ
eemefutajẹ nri ono bẹ
e jerwuru je ekwongaa
ya;
ọ nọdu enwu phuruphuru
g'ọku.
6 Ọ bụru agbara-mkpuma,
nọ l'ime ẹka ono bẹ mkpuma,
bụ sáfàyà shi.
Nshị mkpọla-ododo dụ

l'urwuku shi iya etsushihu.
7 Ọ tọ dụdu ẹnu, eri anụ,
pheswetajẹwaru ụzo
ibiya ono;
ọphu ivu amadụ iya ụzo.
8 Anụ-ẹgbudu -kua onwiya
g'ookuhabẹ;
ọkpa iya ta atụdu l'ẹka ono;
ọphu oduma ejedu iya
akpa nri.
9 Ọ bụru nemadzụ gude ẹka
iya egbukpọshi ịgbangu
ịgbangu mkpuma ono;
ebvulitajẹro úbvú ebvulita
gha ịgharaphu.
10 Ọokukposhi mkpuma
atọ owere eje;
shi nno gude ẹnya
tụkokpoo ẹku ẹku,
dụkota iya nụ hụmachaa.
11 Oogudeje ẹja nwuchia ẹnya
mini ẹka nggele eshije
asọ asọso; l'o jee je
ewofuta iphe,
e shi domia edomi bya
atọgbo l'ebederebadara.
12 Obenu lẹ-a; ?bụ awe bẹ
aa-hụmakwanu
mmamiphe?
?Bụ awe bẹ nkwamẹnya
bukpọo?
13 Nemadzụ ta adụjedu
ike makọtaru gẹ

mmamiphe erebe ire;
mbụ l'ọ tọ dụdu onye
maru iya nụ l'eliphe-a,
e bu ebubu-a l'ophu l'ophu.
14 A jịru ogbu-mini; ọ sụ l'ọ
tọ dụkwa l'ime iya.
Oke-ẹnyimu sụ: Ọphu ọ
dụkwa ọphu dụ l'ime
nkemu.
15 Mkpọla-ododo, kakọta ama
mma bẹ e tee gudekọtakwa
azụ iya; ọphu aatụkwanu
aswa iya eyeru
mkpọla-ọchaa.
16 A taa zụ-butadu iya lẹ
mkpọla-ododo Ofi;
ọphu e gudedu mkpuma
ónìkùsù ọzoo sáfàyà
azụ-buta iya;
17 ọphu a tụdu iya eyeru
mkpọla-ododo ọzoo
mkpuma, aphụ ngerengere;
ọphu e gudedu iya
agbanweta
ụnwu-ẹrengete-iphe,
e gude ọkpobe
mkpọla-ododo meshia;
18 ọphu e jedurọ epfu kẹ
l'eewota mmamiphe
atụ eyeru mkpuma koralu;
yẹe mkpuma jiásùpà;
mbụ l'aswa mmamiphe
kakwa aswa mkpuma

rubi shii;
19 ọphu e wokwarụpho
mmamiphe atụberu
mkpuma tópàzù,
shi l'alị Kushi;
ọphu e gudedu mkpọla-ododo,
dụebe ree azụ iya.
20 ?Bụkwanu awe bẹ
mmamiphe shi?
Nkwamẹnya ?bụ aweya bẹ
o bukpọo ebubu?
21 Ono bẹ e domiru g'ọ tọ
dụ iphe, dzụ ndzụ
a-hụma iya nụ;
mbụ l'e kpuchiru iya
ekpuchi g'ẹnya ta
ahụma iya je akpachaa l'ẹnu,
ephe l'eli.
22 Ọla-l'iswi yẹe ọnwu
l'onwiya tụkoru sụ-a
l'ẹphebedua bụkwa
tafutafu iya rwuru
phẹ nchị.
23 Ọo Chileke maru ụzo iya.
Ọ bụru iya kpoloko maru ẹka
o bu ebubu;
24 kẹle ọo ya bẹ ẹnya erwuje
l'ẹka eliphe jeberu;
tẹme ọ nọdu atụkoje
iphemiphe,
nọ igwe lẹ mkpula
hụmakota.
25 Teke o meru ike nụ

phẹrephere;
bya atụ̀a mini atụ̀tù dobe;
26 teke ọ tụru ekemu dobe
l'ọwa-a g'igwe e-gudeje
edze mini;
bya atọo gbororo tọgboru
ire egbigwe;
27 noo teke o leru mmamiphe
ẹnya tụa ọnu iya.
Ọ bya apfụbeshia ya ike bya
ahụa ya ama;
28 bya asụ ụnwu-eliphe-a:
Atsụ Nnajịuphu ebvu bụkwa
iya bụ mmamiphe.
Ajịka eme ẹjo-iphe,
bụru nkwamẹnya.

# 29

1 Jiobu nọdu epfukwaphọ
iphe, oopfu eje. Ọ sụ:
2 Ọ dụ mu g'a sụ l'ọnwa l'ọnwa
ono, chiwarụ nyịhu ono
a-lwaphutagbaa azụ;
mbụ mbọku lẹ mbọku ono,
bụ teke Chileke shi anọduje
eche mu nche ono;
3 teke orọku iya shi asụjeru
mu l'ụzo ishi eke paapaapa.
Mu shi egudeje ìphóró iya
ghaa ẹka ọchii agba.
4 Sụ-a; teke ono,
iphe shi ejehuru mu;
noo teke eshi ọ̀nyà mu lẹ
Chileke shi abụjeru iphe,

jiru ụlo mu bushihu.
5 Teke ono bẹ
Ọkalibe-kangokọtaru-nụ
shikwadu swiru mu eswiru.
Ụnwu mu nọ-phee mu
mgburugburu.
6 Teke ono bẹ ụzo, mu eshi shi
akwọje tẹretere g'a wụru
iya mini ẹra-eswi.
Agbara-mkpuma nọdu
anwụru mu shọkoshoko
anwụshi manụ olivu.
7 Teke mu jeru l'ọnu-abata
mkpụkpu;
bya eje gẹ mu nọdu l'ẹka
ibe mu nọ l'ọma edupfu;
8 bẹ ụnwokorobya
hụmaru mu bya etochiru
mu.
Ndu bụ ọgerenya wụ-lihu
pfụru apfụru.
9 Ndu-ishi daa ikpigbi;
bya eworu ẹka dẹe l'ọnu.
10 Ọnu kpọru ndu a maru ẹpha
phẹ opfu.
Ire nyakụru phẹ l'akpo.
11 Iphe, bụkpoo onye nụmaru
ẹka mu epfu opfu gọru mu
ọnu-ọma; tẹme ndu hụmaru
mu nụ jaa mu ajaja.
12 Iphe, kparụ iya nụ bụru lẹ
ndu ụkpa, rarụ g'a gbaaru
phẹ mkpu bẹ mu shi
agbajẹru mkpu.

Nokwaphọ gẹ mu shi adzọje
ụnwu-ogbee, enwedu nna;
ọphu ẹphe enwedu
onye gbaaru phẹ mkpu.
13 Onye ala l'iswi shi agọjeru
ọnu-ọma nụ mu;
tẹme mu shi emeje g'obu
nwanyị, ji iya anọedu
gụa ebvu ẹhu-ụtso.
14 Apfụbekoto nkemu bẹ mu shi
yee g'onye yeru uwe.
Ikpe, pfụru ọto bụru mu
awụrukpata uwe mgbalanụ;
yẹe okpu, mu kpu l'ishi.
15 Mu shi bụru ẹnya,
ndu atsụ ishi gude aphụ ụzo;
bya abụru ọkpa,
ndu ẹniyeni gude eje ije.
16 Ndu nọ lẹ mkpa bẹ mu shi
bụru nna phẹ.
Mu shi agbajẹru onye mu
amadụ ọdzori.
17 Ndu ẹjo-iphe bẹ mu shi
anyakwashịje agba;
nata phẹ ndu ẹphe
tabẹwaru ẹru eme
g'ẹphe tagbua.
18 Mu shi dobesukpọepho lẹ mu
a-zẹkpoepho l'ụlo mu nwụhu.
L'apha, mu a-nọ l'eliphe-a
a-dụ igwerigwe g'ẹja,
nọ l'alị.
19 Mu shi dobesụ l'ọgbarabvu

mu a-jakpọepho bahụ
l'ime mini.
L'iji a-nọdu akwa putuputu
l'eli ẹkali,
mu jakashịru
mkpụrumkpuru;
20 L'akpabiri mu a-dụepho
ọ̀phúú ọ̀phúú l'ime mu.
Apfụ mu adụkwapho
ọ̀phúú ọ̀phúú nọdu mu l'ẹka
jasụ l'ojejoje.
21 Ndiphe shi anọduje anga
mu nchị l'olu g'ẹphe
nwụta iphe.
Ẹphe shi adajẹ gbẹe ngabẹ
nchị l'ìdzù, mu achịru phẹ.
22 O shi abụjeru; mu -yewaa
ọnu; ọ tọ dụdu iphe,
ẹphe epfubaa ọzo.
Opfu mu ejeẹpho gụrumaa
gụrumaa abahụ phẹ
lẹ nchị.
23 Ẹphe shi anọduje kwabẹru
mu g'onye kwabẹru
yẹgeyege mini;
tẹme ẹphe shi angụje opfu
mu g'onye angụ mini
ishi-apha.
24 Mu -nwụjaaru phẹ ọnu-ọchi
obu ejizeta phẹ.
Ẹphe lee mu ẹnya l'iphu;
ẹphe ajakerehu.
25 Ọo mu shi anọduje egoshi

phẹ ụzo;
tẹme mu shi bụru eze phẹ.
Mu shi asụgajeru g'ẹka eze
sụgaru l'echilabọ ndu
ojọgu iya phẹ.
Mbụ lẹ ndu aphụ tsọru bụ
mbẹdua shi adụje phẹ obu.

# 30

1 Obenu lẹ nta-a bẹ ẹphe
achịwaa mu ọchi;
mbụ ndu mu bụ ọgerenya;
ndu bụ ẹgube ndu mu gege
enwujeru nna phẹ ye
g'ẹphe lẹ nkụta,
echeru mu ẹku tụko zẹe.
2 ?Bụ urwu gụnu bẹ ọkpu ẹka
phẹ barụ mu;
eshinu ike adụedu phẹ?
3 Ẹphe anọduje eje
phururugbada eje eje
l'ẹnyashi lẹ mgbẹgu
alị ọkponku;
ẹka ẹjeka dụ phẹ;
tẹme ẹgu nọdu eme phẹ.
4 Ẹphe etsojeru ime ẹgbudu
akpakọ ẹkwo,
atsọ únú-únú ata.
Ọ bụru ọgbarabvu oshi,
amịshije ẹkali g'ẹza bẹ
ẹphe avụtaje ata.
5 Ndu-a bụ ndu a chịru achịchi
g'ẹphe ta anọshi

l'ẹka nemadzụ ibe phẹ nọ.
A nọdu atụ phẹ ụzu g'ẹphe bụ
iphuru.
6 E kebutaru phẹ;
ẹphe je eburu l'ọma nggele,
mini tahụru; buru lẹ
mgbaka agbara mkpuma;
mbụ ụtubuku ime alị.
7 Ẹphe anọduje l'ime ẹgbudu
l'ẹka ono ara mịmimi
eme kwọpfukwopfu lẹ
mkpula irwu l'ẹka ono.
8 Ndu bụ ndu mmanụ;
bya abụru ndibe ndu
enwedu ẹpha;
ndu e chiru ẹchachi gude
chịfu lẹ mkpụkpu.
9 Ọ bụru ẹgube ndu ono bẹ
ụnwu phẹ gbẹ nta-a
wata mu agụru ebvu
phuahaa mu iphu.
Mu bya bya abụru iphe,
ẹphe gude atụ phukuku.
10 Mu dụ phẹ ashị;
ẹphe nọdu anọduje
akpa mu ụzenya;
ọphu ẹphe ezejeẹdu ezeze
agbụ tụphekwa l'iphu mu.
11 Ọ bụru iphe, kparụ iya nụ bụ
lẹ Chileke tọshiwaru
ụdo mu;
bya eyewaa mu ọru;
ọphu ọ dụedu iphe,

ẹphe asọje nsọ k'anọdu mu
l'iphu mee.
12 Ọ bụru l'ẹkutara mu bẹ
ụnwu-ọgbolanu ono
eshije abya mu ọgu.
Ẹphe agbakashịa ọ́nyà
dobegbaa
l'ẹka mu a-zọ ọkpa;
bya ekephee mu
mgburugburu.
13 Ẹphe tochishia ụzo mu;
bya emekpọepho jasụ
ẹphe mebyishia mu;
ọphu ọ dụdu g'ọ ka mma
l'ọo onye lanụ,
gbaru mu mkpu.
14 Ẹphe nọdu asọ kpereree
eje abya;
awụ gbụtugbutu;
eshi ụzo, dụ l'igbulọ
mkpụkpu ono,
ẹphe tsukpọshiru ono
eje abya.
15 Ndzụ rwuta mu; nwubvu,
e shi akwabẹje mu
bẹ a chịru ọso.
O phekashịhu g'iphe,
phẹrephere pataru.
Ẹku mu phukashịhu
g'ẹka urwukpu
phukashịhuru l'igwe.
16 Nta-a bẹ ndzụ mu eribufuwa.
Iphe, zụru mu gburumu

pfụrii bụwaa eswe
iphe-ẹhuka.
17 Ẹnyashi anọduje anyapyashị
mu ọkpu.
Ẹka-iphe-nọ-mu ono,
anọduje ata mu kwaramu
kwaramu ono l'anọdujeepho
ata mu nno mkpụrumkpuru.
18 Chileke gude ọkpehu iya
lọkota uwe mu nmaa
ẹrupfureru;
bya eworu mbẹdua l'ophu
tsụpfua gẹ mu atsụpfuje
olu uwe mu-a.
19 Ọ parụ mu chie l'ime ẹpuchi.
Mu nọdu l'ẹka ono;
o woru mu gwee arakabya.
20 Mu chiku ngu lẹ mkpu gụbe
Chileke;
ọphu i yedụru mu ọnu.
Mu gbalihu pfụru apfụru;
ọ bụleru-a ẹnya bẹ i
leru mu kpoloko.
21 Ị bya aghaaru mu iphu
bya eworu mu mee
omeliwe.
I gude ogboro ẹka ngu,
ha ntụmatu eme mu
omeliwe.
22 Ị palia mu ephekerephe
woru mu tụaru
phẹrephere.
Ị nọdu apanga mu g'onye
oke phẹrephere apanga.

23 Mu makwarụ-a lẹ ị kpụwa
mu ala maa.
Ị kpụwa mu ala ẹka ono,
e doberu iphe,
bụ onye nọ ndzụ.
24 Sụ-a; ọ tọ dụkwa onye
ahụmajechaa onye ike
bvụwaru bya ejeshia
ya echi iphe.
L'ẹka oochi ojilẹka tọgbo l'iphe,
eme iya nụ.
25 ?Ọ kwa lẹ mbẹdua shi
abụjeru; mu -hụma
onye eje iphe-ẹhuka;
mu araaharu iya ẹkwa?
?Mu te eshidu abụjeru;
mu -hụma onye ụkpa;
meji awashịhu mu
awashịhu?
26 Obenu lẹ mu leru ẹnya iphe,
dụ ree;
ọ bụru ẹjo iya bẹ mu
hụmaru.
Mu lee ẹnya l'ìphóró a-dụru
mu;
ọ bụru ọchii tụkoru
ẹkameka gbachia.
27 Iphe, aswọrishi mu ime ẹhu ta
adụdu teke ọononyaje
haa mu aswọrishi.
Ọ bụepho l'ọo eswe
iphe-ẹhuka tụru mu swịswia.
28 Mu tsoru aghaphe;
gbachihuchaa agbachihu;

ọphu ọ bụdu l'ọo
anwụ chiru mu;
mu gbachihu ọbu.
Mu pfụru l'echi edzudzu-ọha
chia ojilẹka-tọgbo.
29 Mu bya bya abụru nwune
nkụta-ọswa.
Ọ bụru mu lẹ mgbashị-ujiku
aswị ọswi.
30 Akpọ ẹhu mu jihuwaru
nchi aswashịhuwaa
aswashịhu.
Ẹhu nọdu enwu mu
phuruphuru erekuta anụ.
31 Ogumogu, mu shi akpọje
bụwaa mu aphụ.
Ototo, mu shi aphụje
bụwaru erwubvu.

# 31

1 Mu l'ẹnya mu pfuru iya
gbaa ya ndzụ lẹ mu ta abyadụ
ele nwamgbọko ẹnya k'ejepfu;
2 kẹle-a; ?bụ gụnu bẹ
nemadzụ e-keta l'ẹka Chileke,
bu l'igwe?
?Bụ gụnu bụ iphe,
Ọkalibe-kangokọtaru-nụ,
nọ l'ephekerephe nweru,
a-dasweru nemadzụ?
3 ?Tọbudu ndu ẹjo-iphe bẹ
ọla-l'iswi dụru.
Eze iphe-ẹhuka dụru ndu te
emedu ree?

4 ?Tọ hụmaduru ụzo, mu eshi?
Tọo ?tọo gụdu ntụ ọkpa mu
ọgu?
5 Ọ -bụru lẹ mu tsoru iphe,
abụdu iphe;
ọzoo lẹ mu gude ọkpa
mu-a chịpyabe iphe,
abụdu ire-lanụ;
6 mbụ-a; gẹ Chileke tụ̀wa
mu rọo l'iphe,
ọotụ̀je ndu ire-lanụ;
g'ọ hụma l'ụta ta adụdu
mu l'ẹhu.
7 Sụ-a; ọ -bụru lẹ mu
shiswejeru ụzo;
ọzoo ẹnya mu duphujeru
ọkpoma mu ụzo;
ọzoo lẹ mu yejeru ẹka l'iphe,
dụ ẹji;
8 ọo ya bụ gẹ ndu ọzo
rikwa iphe,
mu kọberu l'alị;
tẹme g'iphe, mu kụru
akụku bụkwaru iphe,
ee-pheshi epheshi.
9 Mbụ-a; teke ọ bụ l'o nweru
onye nwanyị,
mebyijeru mu ọkpoma;
ọzoo lẹ mu jejeru ngge
l'ibe obutobu mu;
10 ọo ya bụ gẹ nyee mu
bụkwaru onye e-mechaa
ejeru onye ọzo ozi;

tẹme gẹ yẹe nwoke ọzo
watakwa akwakwa;
11 kẹle ọo ẹgube iphe ono
gege abụru iphe-ẹji,
iphere iya gege adụ.
Ọ bụru iya bụ iphe,
gbaru g'e kpee mu ikpe iya.
12 Ono bụkwa ọku, etsujewarọ
tsurwua alị-maa.
Ọ bụru iya gege ekegbushi
iphe, mu gege akpata l'ẹgu.
